UI/2 66331/0.

#1.80

# Onye Oma Emeka

SITE N'ỌDỊ NA MBỤ RUE N'ỌDỊ TAA

NKE

MMỤỌTỤLỤMANYA J. OKAFỌ

## IHE DỊ N'AKWỤKWỌ

ISI Ihu akwụkwọ


1 Onye Chukwuemeka Okoro bụ ...... 1
2 Emeka a gaa ụlọ akwụkwọ ...... 5
3 Emeka na ụlọ akwụkwọ ...... 9
4 Emeka a gaa Ọlụ Bekee ...... 17
5 Emeka e nwee Ọlụ ...... 23
6 Ezum ike Ọnwa abụa ...... 30
7 Ịrụ ụzọ Emeka ...... 38
8 Ngwụcha Ezumike ...... 44
9 Emeka ebido kwa Ọlụ ya ...... 52
10 Emeka na Nwanne Ụka ...... 58
11 Emeka na Nwanne na-eri Ụwa ...... 63
12 Nwanne ezi ya ihe mmụo ji ntị oke eme ...... 70
13 Akụkọ Nwanne a bịarue ...... 77
14 Emeka a gaa Ala Bekee ...... 80
15 Emeka Abụrụ Minisita ...... 84

# Okwu Mmalite

Ọ bụrụ na a gaa-lee n'ihe akwụkwọ onye ọ bụla na-agụ akwụkwọ n'ala Igbo taa, a ga-ahụ na akwụkwọ akụkọ (novels) Bekee dịgasị ya dị ọtụtụ. Ma e lee n'akwụkwọ akụkọ Igbo, ha agaghị erinne. E chere m na otu ihe soro bute nke a bụ na anyị aka enweghị ọtụtụ akwụkwọ akụkọ Igbo. Ọ bụ nke a metụrụ m n'obi m ji wee dee nwantakịrị akwụkwọ akụkọ nke a. Ọ bụ ndị Igbo nile na ndị nile asụsụ Igbo na-atọ ụtọ nwe ya.

'Onye-Ọma Emeka' bụ akụkọ echepụtara echepụta. Ọ bụ n'ihe ndị na-eme emeka a gbadoro ụkwụ wee chepụta ya. Ọ bụghị akụkọ ifo, nke ọ na-abụ akụkọ mere eme. Nke a mere o jiri wee bụrụ akwụkwọ ga na-atọ ma ndị okenye ma ụmụntakịrị ụtọ n'ọgụgụ. Ndị ọ ga na-abara uru karịsịa bụ ndị okenye. Ụmụ-akwụkwọ nọgasị n'ọkwa akwụkwọ ise na isii, na ndị nọgasị na Koleeji ebe a na-amụ asụsụ Igbo. Ihe o jiri dịrị ha mma ukwuu bụ na a sụrụ asụsụ Igbo n'ime ya dịka ndị bụ ndị a mụrụ n'ala Igbo si wee na-asụ ya. E jiri ilu Igbo dị iche iche, na okwu Igbo e ji ekwu okwu dị iche iche, wee kwue okwu na ya dịka ndị okenye ndị Igbo si e jiri ha ekwu.

E jisịrị ike dee okwu Igbo ọ bụla dị n'akwụkwọ a dịka esi akpọ ya ma e jiri ya kwube okwu. Ọ bụ n'ihi nke a ka ịgụ akwụkwọ a ga-eji dị nfe dị kwa ụtọ. E jikwara asụsụ Igbo nke onye Igbo ọ bụla ga-aghọta wee dee ya. Ihe butere nke a bụ na onye dere ya e biela n'akụkụ ala Igbo dị iche iche.

Ajụjụ nile na ihe omume nile nke dịịrị ụmụ akwụkwọ dị na ngwụcha ya, ka ha wee ghara ịnabi mmadụ ọ bụla ịgụsị akụkọ a ngwa ngwa, na ịnụ ụtọ ya. Ajụjụ nile ahụ ga-abakwara ụmụ akwụkwọ uru nke ukwu.

E dere okwu na aha Bekee nile dị n'ime akwụkwọ a dịka ndị Igbo si akpọ ha. Ọ bụghị obi m ịsị na akụkọ a amaka, kama ọ bụụrụ m ihe obi ụtọ idere ndị Igbo akụkọ.

Aha nile a kpọrọ n'akwụkwọ a bụ aha e chepụtara e chepụta. Ọ dịghị onye e bu n'obi wee dee aha ya. Gụzi kwaa ka Ị mara maka Onye-Ọma-Emeka.

Mmụọtụlụmanya J. Okafọ.

ISI 1

## ONYE CHUKWUEMEKA OKORO BỤ

Chukwuemeka Okoro bụ onye Efulu dị n'ime Awka. A mụrụ ya n'afọ 1931. Nne na nna ya bụsị ndị Efulu. Ha bụ ndị ọlụ ugbo. Tutu nna ya anọtụe rụba ọrụ ugbo, o soro na ndị na-eburu ndị-ọcha ibu mgbe ha bịara ọhụrụ n'ala Igbo. O soro buru onye-ọcha ha na-akpọ Otikpọ ibu site n'Awka rue Igbodo dị n'Ọdịda-anyanwụ Nigeria. Ihe ha naara akpọ ọlụ ibu ahụ bụ, "ọlụ akpaka."

Nna ya ahụ so kwara rụara ndị Cọmpịnị ọlụ ibu ibu n'ịkpere mmiri Onitsha. Mgbe ọ rụrụ ụzọ ọlụ abụa ndị a ọ mụtara ihe dị iche iche. O nweta kwara ihe ndị dị iche iche, dị ka ite-igwe, une bekee, balangidi, Igbe, Ite mmaị, na akwa dị iche iche. Ihe dị mkpa ọ mụtara bụ na ịmụ akwụkwọ dị mkpa nke ukwu. Ọ maghị akwụkwọ, n'ihi ya ihe dị iche iche o chere na ya gara inweta n'aka Otikpọ na n'aka ndị Cọmpịnị funahụrụ ya.

Mgbe o ruru ụlọ o jiri ihe ndị o nwetara na ihe ndị ọ mụtara mee ihe ziri ezi. Mkpi sị na njepụga mara mma ya jiri we jee ibe nne ya mụta ịsọlị ọnụ elụ. Ọ bụ mgbe ọ nọ n'Onitsha ka ọrịa Ifulenza 1918 rịara ndị mmadụ. Ọrịa rịara ya mgbe ahụ bụ oke ụkwara. Mgbe ọrịa bidoro ya ọ lara obodo ya n'ihi na ọ dịghị ihe e jiri laa mba karịrị isi.

Ụkwara adịsịa ya mma, o bido ọlụ-ugbo. Emesịa, ọ lụa nwanyị n'akụkụ obodo ya a na-akpọ Ududo. Nwunye ya mụtara ụmụ abụa mbụ; ha nwụsịa. O rue n'afọ 1931 o we mụta nwa nwoke mbụ ha. Nke a mere ka obi tọọ ya ụtọ nke ukwu, o wee gụa nwa ahụ Chukwuemeka: n'ihi na ihe ọma a na-agba afa achọ

ONYE ỌMA EMEKA



OKORO MBA BỤ NNA EMEKA

ka Olisa wetara. Ọ bụ mgbe ahụ ka ọ gara kwapụta ihe nile ọ rụtara ma n'ọrụ akpaka, ma n'ọrụ Compịnị, ya na onye-be-ya wee were ha na-ebiri ndụ n'obi añụrị.

Aha nna Chukwuemeka bụ Okoro Eze-Mba. Nne ya bụ Mgbọ Mba. Ha hụrụ nwa ha n'anya nke ukwu. Ma ọ bụ Okoro hụrụ ya n'anya karị. Aha ọ na-akpọ kwanụ ya bụ Emeka. Di na nwunye ndị a bụsị ndị ọgọ-mmụọ mgbe ahụ; n'ihi ya; ha zụrụ nwa ha dị ka

nna ya nye ya une bekee o wetara mgbe ọ gara ọlụ akpaka. Ọ sị ya "nwa m, were une fụrịba, mgbe I tolitere a kọọrọ m gị ihe dike na eke jere tutu o nwete ụfa eke." Bido mgbe ahụ ebe ọ bụla a hụrụ Emeka ọ na-afụ une ya, tụ-lịị tụ-lịị tụ-lịị tụ; tụ. O chefukwaghị ihe nna ya sị na ya ga-akọrọ ya banyere une ahụ.

Emeka bụ nwa gbarị gbarị nwa. O toghị uto ngwa ngwa. Akpa ahụ ya amaghị mma. Agịrị isi ya dị ka afụrịfụ ede. Aka na ụkwụ ya mesịrị nzanza. Egbugbere ọnụ ya dịsị nzarịnza. Onye lekwasị ya anya, ọmịiko atụ onye ahụ n'ime mmụọ. Ọ dịghị emesi ike nke ukwu, mana a gaghị asị na ọ jụrụ oyi. Ilee ya anya na mkpụrụ anya abụa, ha ana-eke rịrịrị dị ka kpakpando, tụmadụ mgbe iwe na-ewe ya. Ọ bụ ezie na ọ dị nwa logwo logwo n'anya mgbe ahụ ọ dị na nwanta, mana ọkpụkpụ gbasịrị ya ike. Ọ dịghị ihe ọbụla ndị ebiri ya na-emekarị ya, n'ihe e ji ụkwụ na aka eme. Naanị ihe mere o jiri dị nwa logwologwo n'anya mgbe ahụ bụ na o nwere mgbe otu ihe ukwu dapụtara n'ezi na ụlọ ha, nne na nna ya wee kewaa. Ha ebikọtakwaghị ọnụ.

Ma ihe ahụ abụghị esem okwu. A gaghị m akọ ihe ahụ n'ihi na di-ochi kọsịa ihe ọ hụrụ n'elu nkwụ, ọ gbaaama mmụọ. Mgbe ahụ ya na nna ya buuru n'isi buru n'ụkwụ; n'ịlụ ọlụ ha na ilekọta ụlọ ha, Emeka nwere akọ na uche nke zuuru ya. O nwere uche dịka okenye.

O ruru n'otu ụzọ ụtụtụ, o teta ụra kelee nna ya, tue ya aha otutu ya. Nna ya wee kwere ya n'obi ụtọ. Mgbe ọ hụrụ na obi dị nna ya mma, Ọ sị ya

kọọrọ ya ihe ahụ ọ sị na ya ga-akọrọ ya banyere une ya n'ụbọchị o nyere ya une ahụ. Mgbe Okoro nụrụ nke a obi tọrọ ya ụtọ. O we tie mkpu sị, "o-o-ya-a-a! Agbọ amịa ihe akụrụ ya! Nna ha kwuru n'ezi okwu na ihe adịghị akọ n'obi ọ na-adị na mbụ. A lọla m ụwa na ndụ. Oyiri nna ya nwa m, aga m akọrọ gị ihe ahụ mgbe i tolitere." Emeka achịa ọchị, kwee n'isi, gaba ozi ya. Ihe nna ya jiri ñụrị ọñụ kwue ihe dị otu a bụ na nwa ya dị nta nke ukwu mgbe o nyere ya une ahụ. Ọ matabeghị ihe mgbe ahụ. Okoro amaghị na nwa ya na-echeta ihe ahụ, n'ihi ya, mgbe ọ matara na Emeka bidoro na nwata ya na-amata ihe, obi tọrọ ya ụtọ. Mgbe ahụ ka ọ matara na nwa ya ga-ama ihe dịka ya na ndị agbụrụ ya. Ihe dị n'obi Okoro bụ na nwa ya agaghị ahụ ahụhụ ya hụrụ n'efu mgbe ya na-alụ ọlụ akpaka, na ọlụ onyebulu n'ihi amaghị akwụkwọ ya. Obi ya dum bụ na Emeka ga-ebido akwụkwọ mgbe o ruru ogo.

ISI 2

## EMEKA AGAA ỤLỌ AKWỤKWỌ

Onye nzuzu sị na ihe emezughị ya ugboro asaa na abọ ya agaghị ama ihe. Nna Emeka asị na nke mere ya ugboro abụa ehiela ya. N'ihi nke a, mgbe aka ruru nwa ya na ntị ọ sị ya na ọ ga-ebido ịga ụlọ akwụkwọ. Obi dị Emeka mma maka nke a. Obi siri ya ike n'ihi na o nwere nchekwube na nwa ya nwere uche ọ ga-eji mụtalite akwụkwọ ngwa ngwa. Mana ọ bụghị ihe dị Emeka na nna ya mma ka a na-eme. Mgbe Mgbọ na ụmụnna Okoro nụrụ na ọ na-ezube iziga ọkpara ya ụlọ akwụkwọ, ha tie mkpu sị; "Ewu amụa n'agbụ! Ya bụ nwa amacha m ihe ụwa onye gwara ya na ọkpara mmadụ na-aga ụlọ akwụkwọ?" Ha wee kpọọ nzukọ ụmụnna, wee jee n'ụlọ Okoro. Okoro wee kelee ha, tue ha "maazị maazị nụ".

O nye ha ọjị na ose ọjị sị ha, "ụmụnna m mgbakọ nke ụtụtụ a a a, a a ya! Anụghị m kpom n'elu nanụ dim n'ala". Ha wee chịa ọchị sị ya na ọ dịghị ihe mere, kama na a sị na ọ bụ ụmụnna na-abọ ewu ahụ jọrọ njọ. Onye okenye ha we were ọjị gọdoo sị,
Nna anyị ha tanụ ọjị ọ.
Olisa taa ojị ọ.
Ihe na-emere anyị ihe taa ọjị.
Ụtụtụ tụtụrụ njọ pụa.
Anyanwụ were ihe ọma nye anyị.
Ụmụnna m, ụnụ ga-adịrị m o.
Okoro na ezi na ụlọ ya ga-adịrị anyị.
Onye sị na ihe adị mbụ eme agaghị adizi;
ya hụkwa ihe hụrụ ya.
Onye mụtara nwa sị na nwa ya agaghị akwa ya ma ya nwụa; ala anyị lemaa ya o."
Ụmụnna ya na-ekwere ya, "ịhaa! ịhaa! ịhaa!

Ha wee taa ọjị; kelee Okoro nke ọma.

Otu onye ahụ gọdoro ọjị wee nọzie n'oche ọ nọ we sị Okoro na ọ bụ na be ya ka ha bịara. Na ọ bụ oke ihe mere, oke otiti etie. Na ahụ ekwughị bụ njọ okenye, ma e kwue a nụghị bụ njọ ụmụnta. Na ha nụrụ na ọ na-akwadebe iziga ọkpara ya bụ Emeka n'ụlọ akwụkwọ, ha we sị ka ha bịa jụa ya ma ọ matakwara na ọkpara mmadụ adịghị aga ụka na ụlọ akwụkwọ. Na ọ bụrụ na ọ gaa, na ọ dịghị onye ga-akwa nna ya dịka omenala si wee dị; n'ihi na ndị ụka agaghị ekwe ya gaa kwaa nna ya n'ụzọ nke ndị ọgọ mmụọ. Ọ sịkwara ya na ha achọghị ka ọkpara ya gaa ụlọ akwụkwọ. Ma ọ bụrụ na ọ gbaa isi akwara ziga ya, na ọ dịghị onye ọ bụla n'ime ha ga-akwa ya ma ọ nwụa.

Nke a juru Okoro anya nke ukwu. Nime obi ya, ọ maara ihe ọ ga-ekwu; mana otu ọ ga-esi kwu ya rara ya ahụ ukwu. Ọ saghe ọnụ ya mechie. Ọ mịchara asọ mmiri loo, sị ha na ya kelere ha na ndụmọdụ ha nyere ya. Ọ sịkwara na ọ bụ ya gosiri na ọ na-abụ ikwu amaghị, ibe ya ezi ya. O lere ha anya bụru bụru sị na ọ bụ ihe na mee ede o wee bee nwụrịm. O wee kọọrọ ha otu ya siri jee ọlụ akpaka na otu ya siri rụa ọlụ n'ikpere mmiri Onitsha.

Ọ kọkwaara ha ihe dum nke ndị ibe ya ndị maara akwụkwọ na-anụ kwa Bekee nwetasịrị n'ụzọ ebe abụa ndị ahụ, ma ha dum funahụrụ ya kpam kpam, n'ihi amaghị akwụkwọ. Ọ gwakwara ha na ọ bụ n'ihi nke a ka ya jiri kpebie na nwa ọbụla ya ga-amụta gaagarịrị ụlọ akwụkwọ. Ọ bụrụ na ya nwụa ozu ya tọgbọrọ, na ọ gaghị ewuta mmụọ ya ma ọ bụrụ raanụ na ụmụ ya gara ụlọ akwụkwọ, mara akwụkwọ.

## EMEKA AGAA ỤLỌ AKWỤKWỌ

Mgbe ahụ ndị ụmụnna ya gwakwara ya okwu ole na ole wee laa n'ụlọ ha. Ma mgbe ha na-ala, ha sịrị ya na ha ekwupụla ihe ha hụrụ na ọ bụzi aka dị ya bụ nwata mma ka ọ ga-ehiri n'isi. Ha laa. Okoro wee chịa ọchi, sị na ọ na-abụ a na-akọrọ mmadụ ihe ọ na-amaghị ọ na-adị ya ka a na-egbu nkụ n'ọhịa mmụọ. Ọ kpọọ nwa ya sị ya jikere na ọ ga-apalite ịga akwụkwọ bido n'echị ụbọchị ahụ. Obi tọrọ nwata ahụ oke ụtọ n'ihi na ọ bụ ihe ọ na-achọsi ike. Nna ya zụtaara ya ihe nile dị mkpa e ji aga ụlọ akwụkwọ n'ụbọchị ahụ.

Obi adịghị Mgbọ ụtọ n'ihi na ọ na-eche ihe ịga akwụkwọ Emeka ga-ewetara ha. O wee gaa kaara nna ya ihe gaje ime. Nke a wutere nna ya nke ukwu n'ihi na ọ bụ onye isi arụsị ala ha a na-akpọ Ududonka mmiri. O wee baa mba nke ukwu; sị na ihe na-ewuta ya bụ na Ududonka mmiri ga-egbu ha ma ọ mata na Okoro na ndị be ya gaje ịghọ ndị ụka. O soro Mgbọ gaa n'ụlọ ọgọ ya nwoke bụ Okoro, ha abụa wee kparịta ụka banyere ịga ụlọ akwụkwọ Emeka. Nwoke a nwara ike ya nile iji wee mee ka nwa nwa ya bụ Emeka ghara ịga ụlọ akwụkwọ ma o nweghị ike ya. O wee laa na mwute.

Obi siri Okoro ike n'ihi na onye maara ebe ọ na-aga, ụkwụ adịghị arakụ ya n'ala. Ọ sịrị Emeka. "Nwa m ọ bụ ndụ gị ka m na-azọ. Ọ bụ ịga n'ihu gị ka m na-agba mbọ ka m hụ na ọ dịsịrị ike. Biko, mgbe ọbụla ị garuru ma ọ bụ n'ụlọ akwụkwọ ma ọ bụ n'ụlọ ụka jisi ike na-ege nti n'ihe ndị nkuzi na-ezi ụnụ. Bido taa mata na ndụ dị na ntị. Ị nụla, nwa m?" Ọ za sị ya "E e, nna m".

## ONYE ỌMA EMEKA

Emeka apụa, kọọrọ ụmụntakiri agbata obi ha nile na ya gaje ịpalite ịga ụlọ akwụkwọ. Ọlụ ụmụnta ahụ na Emeka naara-arụ bụ ịchụ nta oke, ngwere na ọsa; na igwuri egwu ụmụnta dị iche iche. Ọ kọsịara ha akụkọ ya, ha dapụ n'ọchị sị, "Emeka di anyị, I fuela ka ogiri furu n'ime ite ofe. I kwenyeere na gị na ị ga-eso ndị gbaghara ji gbaghara ede jewara akwụkwọ, kpom! kpom! kpom! kpom! kpom? Ha kaara ya ka ọ mata na ihe nile a an-eme n'amaala na emume nile nna ya mere ga-efunahụ ya ma ọ bụrụ na nna ya anwụa.

Ọ sara ha n'olu dị ume ala sị na ihe nile ha kwuru bụsị ezi okwu; mana nna ya akọọrọla ya uru ya gaerite n'ụlọ akwụkwọ, n'ihi ya na ọ bụ uche ya na nna ya na ọ dịghị ihe ga-egbochi ya ịga ụlọ akwụkwọ. Ọ kọ-kwaara ha ihe dị iche iche nna ya kọọrọ ya banyere akwụkwọ. Ha sị ya na anya na ntị,ha ebuteghị ihe o kwuru. Ha tụa ya ụzụ ọchị wee gbalagasịa.

## EMEKA NA ỤLỌ AKWỤKWỌ

Ụbọchị mbido akwụkwọ erue. Nna Emeka wee jikwaa ya, nye ya ihe nile dị mkpa. O wee were une bekee ya tinye n'akpa uwe ya gaa ụlọ akwụkwọ. Ọ bụ ya na otu onye ezi ha na-aga akwụkwọ ochie yịkọọrọ gaa. Ọ bụ kwa onye ahụ ka Okoro rịọrọ arịrịọ ka ọ na-akpaziri ya ụzọ. Ha garuru akwụkwọ na mgbe ọma. Nwanta ahụ kpọrọ ya gakuru onye nkuzi ha, wee gwa ya na ọ bụ onye bịara akwụkwọ ọhụrụ. Onye-nkuzi ñụrịrị



EMEKA A GAA ỤLỌ AKWỤKWỌ

ọñụ, wee kpatụchaa Emeka aka n'ahụ, wee kwere ekele o kelere ya. O wekwaara aka nri Emeka tifee n'isi ya wee hụ na aka ya eruela na ntị. Ọ kpọrọ ha nile baa n'ụlọ akwụkwọ. O wee bụrụ otu Emeka siri malite ịga ụlọ akwụkwọ.

Ọ tara ahụhụ dị ukwuu site n'ịga ụlọ akwụkwọ ya. Ụlọ akwụkwọ ọ bụla adịghị n'obodo ya, n'ihi ya, ọ na-aga akwụkwọ n'obodo ọzọ. Bido n'ụlọ ha gaa n'ụlọ akwụkwọ ha dị maịlị asaa. Nke a pụtara na ọ na-aga maịlị iri na anọ kwa ụbọchị. Ọ na-aga ya bido na mgbe ọ palitere akwụkwọ rue na mgbe ọ gụrụ akwụkwọ isii. Nke ọzọ bụ na ọ bụghị uche nne ya ka ọ gaa akwụkwọ. Kwa ụbọchị kama nne ya ga-asị ya gaa saa ahụ rie nri gawa ụlọ akwụkwọ; dị ka ndị ọzọ ụlọ akwụkwọ ha dị anya na-eme; ihe ọ na-agwa ya bụ ndị a "Emeka zaa mbara ezi. Zaa ime ụlọ. Kpotụa nri n'ọkụ. Gaa chụkọrọ ewu chụbaa n'ụlọ ha. Gaa mmiri saa ahụ ị ga-eji gaa ụlọ akwụkwọ.

Ọ na-anọgide ya hụ na o mechasịrị ihe ndị ahụ nile tutu ọ gaa akwụkwọ ụbọchị dum. Nke a mere na ọ dịghị aga akwụkwọ na mgbe ọma. Ụbọchị dum ọ na-ata ahụhụ abịaghị akwụkwọ n'oge. Mgbe ụfọdụ a na-apịa ya ihe. Mgbe ụfọdụ ọ na-arụ ọlụ. Mgbe ndị ọzọ ọ na-echu mmiri.

Otu ụbọchị, onyenkuzi na-ejide ndị abịaghị n'oge pịara ya ihe wee pịajie ya isi mkpịsị aka aka-nri-yà. Aka yà wee zaa, zarue n'ubu ya. Emeka adaa n'ala wee tụbọọ. Ọsụsọ jupụtara ya n'ahụ dum. Ọ dịa nwa oge nta, ọsụsọ ahụ takọsịa. Ahụ ya jụa oyi tụgbịịm. Oyi ọmụma na ahụ ọkụ wee bịakwasị ya.

## EMEKA NA ỤLỌ AKWỤKWỌ

O nwekwaghị ike ịkwa akwa. O dina ala na-ama jijiji; anya mmiri na-alọsisị n'anya ya abụa.

Ụjọ wee tụa ụmụ akwụkwọ ndị ọzọ ya na ha nọ n'ahụhụ. Ha wee gbalagasịa. Ụmụntakịrị ndị Efulu nọ ebe ahụ wee bido kwawa akwa. Ha bulite Emeka ọ kụtọsịa n'ala. Onye nkuzi ahụ pịara ya ihe amakwaghị ihe ọ ga-eme. O gbue ikpere, were aka ya abụa kulite ya. Ọ kụtọsịa, ahụ ọkụ abịa kwa ya nke mere na ahụ ọkụ dị ya n'ahụ nwere ike ighe ji n'otu ntabi anya. Ike wee gwụ onye nkuzi. Ọ sụa ike n'ala, were aka abụa gụa n'isi ya kwaa akwa sị, "Chi-m o! Nna m o! Efuela m o! Emeka egbue m o! Emeka nwanne m biko bilie. Biliere m o! Ịsị m mekwanụ añaa? Biko bilie nwa m. Ihe ị sị m nye gị aga m enye gị".

Mgbe ihe ndị a na-eme, otu nwatakịrị agbaa ọsọ gaa kpọọ hedimasta. O wee gbara ọsọ gaa hụ ihe mere. O wute ya nke ukwu. O wee metụ nwata ahụ aka wee tie mkpu sị, "o o y a a a! Nke a bụ gịnị? Olisa biko meneere ụmụ gị ebere". Onye nkuzi ahụ wee na-etigbọ na-atụ onwe ya n'ala.

Gbara ọsọ daa n'ihu hedimasta sị ya;

"Nna m ukwu lee nụ mụ o,

E fuịlẹa mụ o.

Emeka nwa m ewe kwa mụ o,

Efuela mụ o.

Aga m akara Chi m gịnị-o?

Anwụala mụ o".

## ONYE ỌMA EMEKA

Ọmịiko we mee hedimasta n'ime obi. O wee zie ozi. Ha gaa wetara ya anyịnyaigwe ya. Ha wee were ya buru Emeka gaa n'ụlọ ọgwụ nta dịtụ ụlọ akwụkwọ ha nso. Onye ụlọ ọgwụ wee mee ya ọgwụ dị iche iche. Ọ sịkwara ndị nkuzi na ụmụ-akwụkwọ ndị soro bịa n'ụlọ ọgwụ ha laba, na ọ ga-adị mma na nwa oge nta. Ọ kaara ha na ihe mere ihe ahụ jiri mesie ya ike otu ahụ bụ na nri adịghị ya bụ nwata n'afọ. Nke ọzọ bụ na ikekwa na ọ gbara ọsọ nke ukwu mgbe ọ na-abịa akwụkwọ. Na ọ bụ ihe ndị ahụ soro mee ka o nwee nnukwu ahụọkụ na oyi ọmụma mgbe apịasịrị ya ihe. Mgbe ha na-akwado ịla, Emeka saghere anya lee ha nwa nti oge. Ha wee kelee ya ndoo na jisie ike. O wee jiri anya kwere ha, ha wee laa.

Akwụkwọ agbasaala, hedimasta na onyenkuzi ahụ na ụmụakwụkwọ ole na ole were anyịnyaigwe gaa n'ụlọ ọgwụ buru Emeka bulaa n'ụlọ ha. Onye na-enye ọgwụ n'ụlọ ọgwụ ahụ nyekwara ha ọgwụ a ga na-eme ya na mkpịsị aka ahụ a pịajiri ya. Mgbe ha batara n'ụlọ Okoro, Mgbọ na-esi nri ehihie. O wee lee anya hụ nwa ya n'elu igwe, wee gbapụta tie mkpu jụa ha ma ọ bụ ịnyịnya-igwe gbaturu ya. Okoro anọghị n'ụlọ mgbe ahụ. Ha wee kọọrọ nwanyị ahụ otu nwa ya na ije siri wee gaa.

Ha tikwaara ya aka n'obi nke ukwu; nye Emeka ego aga-eji na-azụtara ya ihe obi ga-eji na-adị ya ụtọ, wee kelee ha laa. N'ihe dị ka miniti iri na ise ndị ahụ jiri wee pụa, Okoro lọta. Nwunye ya wee kaara ya ihe mere, wee sị ya na ya kwukwara ekwu na mbido si na obi agaghị adị Ududonka mmiri bụ isi arụsị ha mma na Emeka gawa ụlọ akwụkwọ. Ya leenu anya

na ugbu a ha edebedịghị ede we deta ndudu. Sịkwa na adịghị akọrọ ochi ntị na ahịa esula; na ọ bụ mgbe ọkannagha hụrụ n'anya abụa o wee kwere, na nke ahụ mere Emeka ka bụ mbido.

Ihe ahụ wutara Okoro nke ukwu. O wee jụa Emeka otu o siri mee. O wee kaara ya otu ya esịghị ga akwụkwọ n'oge, na ihe mere ya ji ghara ịga n'oge, na otu onyenkuzi si wee pịa ya ihe ya wee daa. Ọ kakwa-ara nna ya na nne ya enyeghị ya nri n'ụtụtụ ụbọchị ahụ; na otu ya siri gbagbue onwe ya n'ọsọ mgbe ya na-aga akwụkwọ n'ihi na nne ya ekweghị ya gaa-akwụkwọ n'oge. O wee kelee ọkpara ya ndoo, sị ya jisie ike. Ọ na-akasi kwa ya obi ụbọchị dum wee rue mgbe mkpịsị aka ya ji wee dịsị ya mma. Ndị ụmụ nna ya mekwara ya akaje n'ihi ihe a mere nwa ya. O wetakwaara ya na Mgbọ nnukwu esemokwu.

Ihe nkasiobi Okoro na nwa ya nwere bụ na ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ na ndị ụka ndị ọzọ na-abịa ile Emeka ụbọchị dum. Ha na-ewetakwara ya ọtụtụ ihe onyinye na ihe ụtọ dị iche iche. Nke a mere ka Emeka wereobi ụtọ wee rịa ọrịa ahụ ụbọchị ole na ole, ahụ wee dị ya ike. Ya na nna ya añakwaghị ntị ihe nne ya na ndị ọzọ na-ekwu banyere Ududonka mmiri. Iji wee mee ka Emeka ghara ị na-ahụ kwa ọtụtụ ahụhụ, nna ya dugaara ya otu onye nkuzi. O wee biri n'ụlọ ya wee rue mgbe ọ gụruru n'akwụkwọ isii.

Ihe obi ụtọ dị n'ebe ịga akwụkwọ Emeka dị bụ na ọ na-amụta ihe nke ukwu, na-agafe kwa n'ule ya nile. Ndị nkuzi nile kuziiri ya hụrụ ya n'anya ukwuu. Ọ bụghị naanị n'ihi na o nwere uche, kama n'ihi na omume ya na mmeso ọma ọ na-emeso ụmụntakịrị ibe ya makwara mma. Ọ bụ nke a mere na mgbe ọbụla ọ nọ na mkpa a ga-ahụrịrị ndị ga-ewepụta onwe ha nyere ya aka. Ihe dị ka mgbe ọ na-agụ akwụkwọ ise

otu nwata nwanyị ọkwa akwụkwọ ha weere igbe akwụkwọ ya, bụ igbe igwe, dọchiere ya ụzọ. Mgbe ọ gasịrị zii onye nkuzi ha ihe o dere. Mgbe ahụ ọ na-ele anya n'akwụkwọ ya na-elekiri ihe e deere ya n'akwụkwọ ya. Ọ hụghị kwa igbe ahụ. Ọ wee kpọnye ụkwụ ya n'ọnụnụ ya, o wee kpọbie ya otụ mkpịsị ụkwụ. Ọ wee daa kwaba akwa. Ọbara na-alọsịsị. Nwanyị ahụ nwe igbe wee chịba ọchi, n'ihi na ọ maara amara mee ihe ahụ. Mana ọ maghị na o merụrụ ya ahụ nke otu ahụ. Mgbe ọ nọ na-achị, iwe were Emeka nke ukwu, o wee kulie were ọbara na-agbapụta na mkpịsị ụkwụ ya tee n'uwe nwanyị ahụ. O wee manye ya ọgụ n'ihi na o chere na ya ga-etigbu Emeka. Mgbe nke a mere, ndị oche Emeka dum ma ụmụ nwoke ma ụmụ nwanyi were iwe wee tụara nwanyị ahụ ọgụ.

Onyenkuzi ha wee mee ka ha nọdụ nwajụụ. O wee kpeziere ha ihe na-esere ha okwu. O nyekwara ya na nwanyị ahụ ahụhụ ọgụ ha lụrụ. Mgbe agbasara akwụkwọ, ụmụaka ndị ọzọ sooro Emeka rụa ọlụ ahụhụ ya. Mgbe ha na-ala, nwata nwanyị ahụ wee kwaba akwa, n'ihi na ọlụ e nyere ya buru ibu nke ukwu dị ka nke onye ikpe mara. Nke ọzọ, ọ dịghị onye ọ bụla na-enyere ya aka n'ịrụ ya. Omiiko bịara Emeka n'obi mgbe ọ na-akwa akwa. Ọ wee rịọ ụmụ ibe ya, ha wee gaa soro Adị rụa ọlụ ahụhụ ya. Onyenkuzi ha hụrụ ha mgbe ha na-arụ ọlụ ahụ. O wee jụa Emeka ha ihe mere ha jiri wee soro Adị arụ ọlụ. Ha wee kọọrọ ya. O wee tie, "O-h-o-o! Emeka! Ọ dị mma." O wee sị ha laa. Ha nile wee laa n'obi ụtọ. Ụmụntakịrị ahụ enweghị nke buuru ibe ya ịwe n'obi n'ihi omume ahụ Emeka mere.

# EMEKA NA ỤLỌ AKWỤKWỌ

Ọ bụ mgbe Emeka nọ n'akwụkwọ atọ ka o nwere ike na-agụ na-edekwa akwụkwọ ma n'olu Igbo ma n'olu Bekee. Naanị ya bụkwanụ nwata na-aga akwụkwọ n'ụmụnna ya dum. Mgbe mbụ ọ na-abụ e wetara ndị ụmụnna ya akwụkwọ ụtụ isi, ha azụa ji, na ọkụkụ, were anụ na azụ sie nri tọrọ ụtọ; wee gaa obodo ọzọ kpọta onye maara akwụkwọ, bunye ya ihe ndị ahụ. Nyekwa ya ego, o wee kwere gụara ha akwụkwọ ụtụ isi ahụ gwa ha ihe D.O. sị ka ha kwụa n'isi otu onye, na ihe nke ha nile ga-apụta. Ma mgbe nwata ahụ nwere ike na-agụ na-edekwa akwụkwọ, ọ bụ ya ka ha na-akpọ, ọ na-agụrụ ha akwụkwọ ahụ. Ha wee bido nyewe ya ihe ahụ ha na-enye ndị obodo ọzọ na-agụrụ ha na mbụ.

Okoro na nwa ya wee kaara ha na ha achọkwaghị ka ha na-enye Emeka ihe ndị ahụ, n'ihi na ọ bụ ihe onye jetere n'ije, ọ lọta o zi Ụmụnna ya: Na nke ahụ bụ ihe Emeka jetara n'ụlọ akwụkwọ. Mgbe ahụ ha matara na ọ bụ ilu ka Okoro tụụrụ ha banyere mgbe ha na-ejisi ike ime ka Emeka ghara ịga akwụkwọ. Ha wee kelee ya na nwa ya, wee sị ya na ha ekwerela na onye ije na-akara onye isi awọ ihe amata.

Ọ bụkwa nwata ahụ bụ onye na-edere, na-agụkwara, ndị be ha akwụkwọ ozi nile há na-èweta. Ụmụnta dum ndị na-eme ya ihe ọchị mgbe ọ palitere ịga ụlọ-akwụkwọ bụzi ndị na-asọpụrụ ya, na-asị na ọ dị ha ka ha bụrụ ya. Ụfọdụ n'ime ha na-abịakwute ya na-arịọ ya ka ọ na-akụziri ha a b gb d e. Ọ dịghị

ebu iwe n'obi. Obi ụtọ o nwere na ya nwere ike idị na-akụziri ụmụnta ibe ya akwụkwọ dị ukwu, n'ihi nke a ọ na-ezi ha akwụkwọ n'ụlọ otu o nwere ike. Ọ dịghị otu o si egosi ha na ya na-echeta mgbe ahụ ha na-atụ ya ụzụ-ọchị, na-akpọ ya, 'onye gbaghara ji gbaghara ede jewara akwụkwọ, kpom! kpom! kpom! kpom! kpom! kpom!. Mgbe o jiri gurue akwụkwọ isii ụmụntakiri ahụ nọ na-ele ya anya ọkụkụ na-ele achịcha n'elu aja. Ọ na-abụ onye-ọcha ndị-ụka ha bịa ikwu okwu Chineke n'Efulu, ọ bụ ya na onye nkuzi ụka ha na-anapụta ya okwu. Ha ana-asị, "Ụnụ ahụla, Emeka abụrụla nwakọsịrị, ya na nwa-bekee na-aga ka nna na nwa. O riela."

## ISI 4

## EMEKA AGAA ỌLỤ BEKEE

Ndị ọkwa akwọkwụ isii gafere n'ule nke ukwuu n'afọ Emeka ha gụrụ akwọkwụ isii. O so kwa n'otu n'ime mmadụ iri gafere nke ọma n'ime ọgụ mmadụ anọ na iri na isii lere ule akwụkwọ isii n'ụlọ akwụkwọ ha n'afọ ahụ. Nke a mere ka ọṅụ jupụta ya na nna ya obi. Ma otu ihe mwuta dịịrị ha bụ na Okoro enweghị ego ọ ga-eji zụa nwa ya na kọleeji. Nke ọzọ bụ na nwata ahụ dị nta ukwuu ịrụ ọlụ-bekee. Ha amaghị ihe ha ga-eme.

O rue otu ụbọchị Okoro na nwa ya wee buru otu mbele mmaị gaa n'ụlọ onye nkuzi kuziiri Emeka ha n'akwụkwọ isii. Mgbe ha ṅụsịrị mmaị ahụ, Okoro wee kelee onyenkuzi sị ya "anwụchula, odozi obodo" O wee kelee kwa ya anwụla. O wee kaara ya na ihe ya jirị bịa bụ ikele ya ekele banyere otu o siri wee zie ụmụ ha ihe nke ọma n'afọ ya gara aga, nke ka nke, Emeka nwa ya. O wee gwa kwa ya na ya chọrọ ka ọ tụara ya alo ihe Emeka nwa ya ga-arụ mgbe ọ bụ na ọ gụọla akwụkwọ isii ma ya enwekwaghị ego ọ ga-eji gaa kọleeji, na ya echerela laa elu, chere ya lọtue ala, ya echetaghị ihe ọ ga-eme; na Emeka dị nta kara nwa oke. Ọ bụghị ya, a sị ka a gaa chọtara ya ọlụ bekee.

Onyenkuzi ewe kọọ ọkọ n'isi, kelee ya. O chee echiche nwantịị oge, sị ya na ya onwe ya na ararị eche echiche banyere ụmụntakịrị ya ndị na-enweghị ike ịga kọleeji. Ma otu o sina dị, ha laa, mgbe o ruru echi ya Emeka bịakwute ya.

# ONYE ỌMA EMEKA

Ka ha lee ma ọ dị ndị ha ga-edere akwụkwọ ka ha were ya n'ọlụ bekee. Ha wee kelee ya laa. Mgbe chi na-asaala, Emeka anọdụlarị n'ụlọ onyenkuzi. Ya na Onyenkuzi wee deere ndị otu atọ na-ewe ndị mmadụ n'ọlụ ka ha were Emeka n'ọlụ bekee. Otu izu-ụka wee gaa, ha anataghị ozi ọbụla. Ọ bụ mgbe izu ụka atọ gasịrị ka otu onye na-achị ndị ọlụ sara akwụkwọ ha dere, wee sị onyenkuzi ahụ ya duru nwata ahụ bịa ka ya hụ ya anya. Onyenkuzi eduru ya gaa.

Onye-isi ọlụ ahụ bụ nwa Bekee. Ya na ha wee kparịa ụka banyere Emeka. Nwata ahụ satara ajụjụ nile nwa Bekee ahụ jụrụ ya. Ọlu Bekee ya makwara mma nke ukwu. Nwa Bekee ahụ gwara Onyenkuzi na ebere mere ya maka nwata ahụ n'ihi na ọ gaghị enwe ike ịrụ ọlụ ya chọrọ iwe ya na ya. Ma n'ihi na ihe nwata ahụ masịrị ya nke ukwu ya ga-ewere ya ọ gaa kọleeji nta ebe ọ ga-anọ mụa ihe otu afọ maka ọlụ ọ gaje ịrụ. Ihe ya jiri kwue otu ahụ bụ na tutu ọ nasịa otu afọ nime kọleeji ahụ, ọ ga-eto wee nwee ike ọ ga-eji rụọ ọlụ Bekee ga-adị ya mma. O wee jụa ha ma ha ga-enwe kwa ike ịkwụ pam iri-na-isii maka kọleeji otu afọ ahụ ọ ga-eje. Onyenkuzi wee kwere sị na ya ji n'aka na ha ga-ejisi ike gbalịa hụ na ha nwetara ya. O wee sị ha laa, na ya ga-edere ha akwụkwọ banyere ya mgbe oge ruru. Ha wee laa kaara Okoro otu ije ha si wee gaa. O wee kelee ha, kelee kwa Olisa bụ onye duru ha gaa ya bụ ije. Okoro bidoro mgbe ahụ na achụ nta ego ha ga-eji kwụ ụgwọ ahụ. 1/17

Mgbe izu ụka atọ na-agaala, akwụkwọ ozi nwabekee ahụ abịalarị. Akwụkwọ ahụ gwara ha ihe nile dị mkpa iji wee gaa kọleeji ahụ na mgbe akwụkwọ ga-

eji palite ńime ya. A zụtasịịrị Emeka ihe nile dị mkpa o wee gaa palite akwụkwọ na kọleeji nta ahụ. Ọ dịghị ihe dị ka nke a mgbe a-nụrụ akụkọ ya n'Efulu dum. Mmadụ nile na-asị na Olisa atụliela Okoro na ezi na ụlọ ya elu na otu ahụ ọ bụ na nwa ya agaala kọleeji, na ọ bụzi ha maara ihe bekee na-aka. I lekwaanụ Okoro na onwe ya, obi na-atọ ya ka nnu. Ihu bụ ya naanị ọchị ọchị. Ọnụ ya jupụtakwara n'ito Olisa na ikpere ya ekpere banyere ọganihu nwa ya.

Ọ na-abụ ọgụ bie, e bulaa ngwa ọgụ, kebe ihe akwatara n'ọgụ ndị ụjọ akọba ka ha na ihe sịrị mee. Ugbu a, ahụrụ na ọ dị ka uru ọ ga-esi n'ịga akwụkwọ Emeka pụta, Mgbọ amachapụta. Onye kwaa ụkwara, ọ sị ya, "O di anyị ị nụkwara na ọkpara m agaala kọleeji? Ahụhụ dị n'akwụkwọ nwata ahụ akpụsịala mụ na di m isi. Ọ bụ afọ ọzọ ọ pụta lụba ọlụ bekee, anyị amara ma anyị ga-ekuru mmiri ńụa otu ụbọchị." Otu a ka ọ na-eme mgbe dum na-akpakwa nganga onye nwa ya nọ na kọleeji. Ma ọ bụ ya bụ onye sị na ọ bụrụ na Emeka agaa akwụkwọ na Ududonka mmiri ga-ekpochapụ ya na ezi na ụlọ ya.

Emeka bụ nwata ọma. Ọ na-ama akwụkwọ nke ukwu, mana esoro ụwa na-eso ya mgbe ụfọdụ.

Ọ gara n'ihu n'ule nile ha lere n'afọ ahụ mana ọ bụ mgbe ọ fọdụrụ otu ọnwa na ọkara ka o si na kọleeji ahụ pụta, ka nna ya, Okoro nwụrụ. Ihe dị ka nke a emebeghị n'ala Efulu mbụ. Mkpu na-eti ebe nile, Ụmụ mmadụ na-ekwu ihe juru ha n'ọnụ. Ụfọdụ naasị na ihe aka emebedịghị; na ọ bụ onye ukwu-na-ọha.

bụ ududonka mmiri gburu ya, kworo ihe mere o jiri ziga nwa ya akwụkwọ. Ụfọdụ sịrị na Ọkannagha ahụla n'anya, na ha ga-amata onye ga-akwa ya dịka omenala si wee dị ebe nwa ya bụ onye ụka; na ha kwuru mgbe ihe ka dị na mma mana mmụọ mkpọchị ntị ekweghị. Okoro gee ihe ha kwuru na ugbu a jọtọ-nsị amala n'ọnya. Mgbọ amakwaghị ihe ọ ga-eme. Ya na akwa atọgbọrọ. Ndị mmadụ akụa waya wee kara Emeka ihe mere. O wee kwaa akwa nke ukwu. Mgbe onye isi kọleeji ha hụrụ otu ihe ahụ sị wee na-ewuta ya na otu o si wee na-akwagbu ọnwe ya n'akwa, o wee soro ndị ọzọ gụgụa ya. O wee kpọrọ ya gaa n'akụkụ jụa ya otu ọlụ siri wee dịrị ya.

Emeka ewee were obi umeala kaara ya na ọ bụ otu ọlụ siri dịrị ya mere ya ji wee na-akwa akwa ukwu, na ọ bụghị naanị maka ọnwụ nna ya. O wee kọọrọ ya otu ihe nile sịrị aga mgbe ha na-akwado ka ya palita ịga akwụkwọ. O miiko wee mee onye isi kọleeji ahụ. Ọ wee sị ya, "nwa m, kasie obi. Ọ bụ otu ihe ụwa na-adị". O wee kpọọ ndị kọleeji ole na ole sị ha gaa dulaa ya ka ọ ga hụ ozu nna ya tutu e lie ya. wee mekwue ihe nile gbasara ịkwa ozu. Mgbe ha na-aga o nyere ha ego ga-ezu iji wee kwa ozu ọgaranya, wee sị ha ha garue ha mee dịka omenala ndị obodo ahụ si dị. Ọ sịkwara na nke ahụ ga-egosi ndị Efụlụ na ọ bụ Olisa ka ihe nile dị n'aka na ọ bụ kwa ya na-ezi nwa mgbeyi ụzọ. Emeka jiri akwa na anya mmiri gbue ikpere wee kelee nna ha ukwu. Ha wee gaa Efụlu.

Emeka ha ruru ọlụ ha ụbọchị ahụ. Mgbe o tinyere isi n'ụzụ ndị mmadụ hụ ya, ụzọ akwa atụa. Nne ya na-akwa na-asị; "Emeka nwa m, akwụkwọ gị egbue

anyị o-o !. Ekwue ma ntị anụghị egbuela m o!" Nwata ahụ wee kwaa akwa nke ukwu, wee sị na ihe na-ewute ya karịa bụ na nna ya rụrụ ọlụ ma o righị uru si n'ọlụ ya pụta. Ndị kọleeji ibe ya na ndị enyi nna ya wee bịa kulie ya ebe ọ dabeere n'ozu nna ya wee gụgụa ya. Ndị ụmụnna ya wee kpọrọ ya gaa n'azụ ụlọ sị ya na ọ bụghị ịkwa akwa bụ isi. Ọ mara otu a ga-esi mee nna ya, ya gwa ha na ha kwuru na mbụ sị ya agala akwụkwọ ka o wee nọrọ n'ime obodo wee mara ihe ibe ya maara; ya na nna ya ekweghị na ugbu a ọ gbajuela dọrọ; na mmiri dọọrọ n'eju bụ kwa nwankịta ka ọ dọọrọ. Ha ekweghị ya kwue okwu bido gụsịsịbara ya ihe ndị ọ ga-emerịrị tutu ha ekwenye liera ya nna ya. Otu ha siri meso ya omume mere ka nwata ahụ kwaba akwa ọzọ. Mgbe nne ya nụrụ ihe nile ha gụsịrị, ike gwụ ya. Ọ na-eti na-asị na ọ dịghị ego fọrọ n'ụlọ ha; na ha resịsịrị ihe nile ha nwere we ziga nwa ha kọleeji. Nwanyị ahụ jiri olu nta kwaa akwa nke ukwu.

Anya ya wee bido na-aza. Mgbe Emeka nụrụ olu akwa nne ya, obi nne ya mere ya, o wee gaa soro nne ya kwaa akwa. Mesịa gụgụa nne ya, sị ya ya akwakwala, na Olisa emeela ihe bụ uche ya. Ha wee wepụta ego ha jiri lọta wee mee ihe nile dị mkpa n'ili ozu nwa mmadụ. Ha wee lie Okoro dịka omenala si we dị. Nwata ahụ kwara nna ya karịa otu ndị ọzọ na-eme. O wee bụụru ndị ụmụnna ya nile na ndị Efulu nile nnukwu ihe ịtụ n'anya. O jukwara ha anya bụ ụzọ nwata ahụ siri weta ego o jiri mee ihe

ukwu dị otu ahụ; nke ka nkẹ na o jiri siment wee wue ihe ncheta n'ili nna ya.

Ha wee sị na ihe nwata ahụ ga-eme na mmadụ amatabeghị ya; na Okoro pụrụ mana Okoro nọchikwara. Emeka ha wee laghachị na kọleeji wee mechie maka ọgwụgwụ afọ. Nwa bekee wee were ya nye ya ọrụ bekee. Ugbu a, Emeka abụrụla onye ọlụ bekee. Ebe o wefere ya ịlụ ọlụ bekee ahụ dị anya nke ukwu. Aha ẹbe ahụ bụ Ndọkị.

## ISI 5

## EMEKA ENWEE ỌLỤ

Emeka amarala ebe ọ ga-anọ rụa ọlụ mana bido na mgbe nne jiri wee mụa ya, ọ nụbeghị aha obodo ahụ mbụ. Ọ mataghị ụzọ ọ ga-esi gaa ya. Obi dị ya arọ nke ukwuu. Ọ maghị ihe ọ ga-eme. O wee gaghariba nime kọleeji ha na-ajụ ụmụ-akwụkwọ ha ndị sigasị obodo dị iche iche nime Nigeria bịa, ma ha matara obodo ahụ a na-akpọ Ndọkị. Ọtụtụ nime ha kaara ya na ha amataghị ebe ọ dị. Ọ bụ n'echi ụbọchị ahụ ọ jụrụ ajụjụ, ka otu onye batara nime ụlọ ebe o bi na kọleeji wee jụa ndị bi nime ya ma ọ bụ n'ebe ahụ ka onye a sị ga-eje Ndọkị bi. Emeka e kweghị ya kwupụsị ihe ọ kpụ n'ọnụ, wee machapụta sị ya, "Enyi m ọ bụ mụ. Ọ bụ gịnị mere? Ị maara ebe ọ dị?"

O wee sị ya ee, na ya maara; na ya nụrụ na o nwere onye gaje Ndọkị, ya wee sị ka ya bịa mata onye ọ bụ n'ihi na ya bụ onye Ndọkị. Obi tọrọ ya ụtọ nke ukwuu. O wee kelee onye Ndọkị, sị kwa ya, "nwanne m biko wanye m azụ n'ihi na i siri Orụ lọta." Ha nọdụrụ ala nime ụlọ Emeka. Onye ahụ wee kọọrọ ya ihe nile ọ chọrọ ị mata banyere Ndọkị. Site n'akụkọ enyi ya, ọ matara na bido n'ụlọ ha gaa obodo ahụ dị bere maịlị atọ n'ọgụ maịlị iri. Ọtụtụ ihe ọ nụrụ banyere obodo ahụ tọrọ ya obi ụtọ. Mana ọ dị kwa ihe ndị wutara ya n'obi nke ukwuu. Mgbe ha mechisịrị akwụkwọ na kọleeji, ha laa ezumike izu ụka isii.

Ọ bu nime ezumike ka ọ kọọrọ ndị be-ha ebe ewegara ha ya jrụ ọlụ, wee zụtachasịa ụmụ ihe dị ya mkpa iji wee gaa obodo ahụ. Otu obodo ahụ siri wee te aka

nke ukwu wutere ndị ụlọ ya nke ukwu, n'ihi na Emeka akabeghị ahụ nke iji wee ga obodo dị anya. Ha wee gbaa ya ume kasikwaa ya obi si ya gawa na ọ dịghị ihe ga-eme ya. Ha gwara ya ya jisi kwaa ike n'ọlụ ya ma ọ garue, na ha ga na-ekpere ya ekpere ka nwa mmụọ kpanyere ya bụ nwata akị nyekwue ya nkume ọ ga-eji tie ya.

Oge mbido ọlụ erue, Emeka kwado nke ọma wee gaa Ndọkị. Ọ gara ije ụbọchị abụa na mkpirikpi tutu o rue. Mgbe o ruru ebe ahụ, ọ gaa kelee onye isi ọlụ nọ n'ebe ahụ, wee kaara ya na ya abaịala. Onye isi ha wee kelee ya ị bịala. O duru kwaara ya gaa zi ya ụlọ ebe ọ ga-ebi, zi kwa ya ebe dị iche iche ha ga na-arụ ọlụ. Ebe ahụ ọ ga-ebi mara ya mma nke ukwu. Obi dịkwa ya ụtọ otu onye isi ha siri wee nara ya nke ọma.

Onye isi ahụ gara kpọta ụmụ ntakịrị ole na ole, ha wee nyere Emeka aka kwabaa ihe ya n'ụlọ, wee dozisịa ihe nile nke ọma; ụlọ ya wee bụrụ sọsọ mma. Ụmụntakịrị ndị nyeere ya aka wee laa. O wee pụta n'ezi, kiriwe otu ebe ahụ dị. Ụlọ e nyere ya bụ ụlọ gbamgbam nwere ọnụụlọ atọ. Ọ bụ bụlọọkụ simenti ka e jiri wue aja ya. A wụchịrị elu ụlọ ahụ awụchi nke ọma. E jiri agwụgwa edo-edo agwakọtara ya na nke akwụkwọ-ndụ akwụkwọ-ndụ wee tejie aja ụlọ ahụ nile.

E jikwara agwụgwa ọbara ọbara nke rọrọ arọ dịkwa ka ihe e tinyere mmanụ wee gbaa ọnụ aja ahụ nile. Windo na ụzọ nile dị n'ụlọ ahụ bụsịrị ibu maakwa mma. E jikwara agwụgwa ọbara ọbara wee tejie ha. Nke a pụtara na ụlọ ahụ dị nwa becham n'anya; bụrụ kwa sọ mma. O wee legharịa anya hụ na a kụrụ ọtụtụ fụlawa n'akụkụ ụlọ ahụ. Ụmụ fụlawa ahụ jupụtakwara n'ifulu osisi bụgasị sọ mma. Ọ bụ kwa otu ahụ

ka ụlọ nile dị n'ogige ahụ dịchasị. A rụkwara ụlọ nile dị ebe ahụ n'ahịrị n'ahịrị. Ejiri abịhịa bahama a naebecha nke ọma zọchisịa mbara ebe ahụ. Ọtụtụ osisi ndị na-ama ifuru jukwaaziri na ya. A rụziri ụzọ nta nile e si aga n'ezi ebe ahụ nke ọma. Ikuku na-eku ebe ahụ bụ ikuku ndụ. Onye lebe anya otu ebe ahụ siri wee maa mma ịla ụlọ nna ya agaghị agụ kwa ya ma ọli.

Mgbe ọ hụrụla ihe ndị a nile obi atọọ ya. Ọchị wee tọọ ya na nti: O wee kwee n'isi sị: "Olisa nwe ndụ ekeleekwa m gị. Ihe ọma biko ị dịkwa n'Olu dị n'Iza, efunahụkwala m. Nna, biko, ihe ọma ndị a bụrụkwa uru. Ha tọọkwa atọọ." O jikwara oke ọñụ baa nime ụlọ, wee zuru ike.

Mgbe chi bọrọ, Emeka jikeere nke ọma wee gaa ọlụ ya. Ndị ọlụ ha dum jiri ihu ọchị na obi ụtọ wee nara ya, keleekwa ya ịbịala. Ndi ọlụ ahụ bụgasị ndị okenye ahụ matarala ihe. Ọ bụ naanị Emeka na mmadụ abụa ndị ọzọ bụ ụmụ okorobịa nọ n'etiti ha. Ha wee palite ọlụ. Ọlụ ha na-aga nke ọma.

Obi na-atọkwa ha ụtọ n'ihi na ha nile hụrịtara onwe ha n'anya. Ha na-emesokwa ibe ha dị ka a ga-asị na ha bụ ndị si n'otu ụmụnna pụta. N'ihi otu ha siri were obi ụtọ na-arụ ọlụ nke ọma, ndị isi ọlụ ha na-akwụ ha ụgwọ ọnwa juru ha afọ, na-enyekwa ha ego amara, na ego inye aka dị iche iche. Ọ bụ ụzọ dị otu a ka Olisa si wee buru Emeka gaa bere atọ n'ọgụ majlị iri, wee tụnye ya n'ikpo ihe ọma, wee were nnu bụnye ya n'ọnụ.

Nwantakịrị nsogbu o nwere na mgbe ọ bịara ọhụrụ bụ ihe banyere asụsụ Ndọkị. Ha na-asụ Igbo dị ka ndị be Emeka ha. Mana olu ha ji asụ ya dị iche. O nwekwara okwu ndị ha nwere nke ndị Igbo ndị

ọzọ na-enweghị. Ihe dị ka "tete", nke bụ "Nna", "Kụkụhị" nke bụ "ahụ ọkụ" na ndị ọzọ gasị. O ruru ọnwa atọ tutu o wee ghọtaba olu ha nke ọma. Ka o siri wee nyeka ya nsogbu bụ na o ruru otu ụbọchị, o nwee onye ọbịa. Onye ọbịa ahụ bụ onye ikwu ya. O sikwara ebe dị anya bịa ile ya. Mgbe o jī wee bịa ọnwa agbaala karịa ohu ụbọchị. Ihe oriri Emeka nwere maka ọnwa ahụ agwụbala. Ego o detere maka erimeri fọdụrụ naani shịnị ole na ole. Mana ọbịbịa nke nwoke ahụ bịara tọrọ ya ụtọ n'obi n'ihi na ha abụa ahụrịtabeghị anya ke mgbe ogologo oge. Ha wee keleghar̄ịtasịa ekele, makụsịa onwe ha, Emeka wee chọọrọ ya ọjị. Ha tasịa ọjị, Emeka sị ya chere ya ka ya gaa gbaghar̄ịa, na a sị na ofeke amaghị na nwanne ya bụ ọbịa-amara wee pụa.

Ọ chịkwaara shịnị ole na ole ahụ fọdụrụ n'ihe ya wee gaa ịzụta ihe ọ ga-eji lee nwanna ya ọbịa. Ụbọchị ahụ abụghị ụbọchị ahịa ndị ebe ahụ. Ọ dịghịkwa ahịa dị ha nso na-azụ ụbọchị ahụ. O wee gaa ebe ndị mmadụ na-ebupụta ihe ha chọrọ ire ere mgbe ụfọdụ. Ebe ahụ, ọ hụrụ otu nwanyị bu abọ ji na otu nnukwu nkoro azụ, nạ ọkara atụma mmaị ngwọ na-agafe. Ọ kpọọ ya. Nwanyị ahụ wee bịarue. O zie ya ihe. Rịọ ya arịrịọ sị ya ya biko resị ya ihe ndị ahụ na ya nwere ọbịa na mberede, ya enwekwaghị ihe ya ga-enye onye ahụ. Nwanyị si ya na ya aghọtaghị ihe ọ na-asụ.

Ha abụa adịghị onye na-aghọta Igbo ibe ya. O wee sị Emeka bokwa ya ihe ya na ebe ya na-aga dị ya ọsọọsọ. Emeka echee ihe ọ ga-eme o chetaghị wee tie mkpu sị na anụghị Igbo Ndọkị emeela ya asụọ-ala-akọghị-ji. O bido were aka na-efufe na-arịọ ya dị ka

ogbi, ka ọ resị ya ihe ndị ahụ. O wepụtakwara ego na-ezi ya. Ọ kweghị na ya ga-ebo ya ihe ahụ; n'ihi na ọ maghị ebe ọzọ ọ ga-esi nweta ọzọ. Nke ọzọ, ọ dịghị anụ asụsụ nwanyị, ma ọ sị ya zi ya ebe ya ga-azụta ihe. Mgbe ọ hụrụ na ọ chọghị ibo ya ihe na ọ nọgidere na-arịọ ya, iwe were ya n'ihi na ọ ghọtaghị ihe ọ na-ekwu. Echiche ọzọ bakwara ya obi, n'ihi otu o siri wetue obi na olu wee na-arịọ ya. A sị ọ na-abụ ataa pịam, anya agba nwata na nsịkọ. Ọ bụ ndi na-aga ije uchichi na-amata na a na-ahụ ijiji mụ anya n'abalị. Mgbe obi gbara ya n'ihe Emeka na-echeta-bedịghị n'uche, o tibe mkpu sị ndị mmadụ ha bịakwaa hụrụ nwatakịrị na-aka esepụghị ọnụ n'ọnụ ara ka ọ nọgidere ya n'okporo ụzọ bekee n'etiti ẹhihie na-amụ anwụ, na-arịọ ya ihe ya amaghị isi ya na ọdụ ya. Ọtụtụ ndị mmadụ wee gbakọta.

Nwanyị ahụ wee kọọrọ ha otu ha abụa si wee zute na ihe Emeka mere na ihe ya chere maka arịrịọ ya. Ha wee sị Emeka kwue ọnụ ya. O wee bido kọba maka ije ya. Mana ọ dịghị onye n'ime ha ghọtara ihe ọ na-ekwu. Ha wee sị ya mechie ọnụ, kwẹrekwa n'ihe nwanne ha nwanyị kwuru, wee kpụrụ Emeka sị na ha ga-eduru ya gaa n'ụlọ onye eze ha. Ọ bụ mgbe ha na-aga n'ụlọ onye eze ka ha zuture otu onye ebe ahụ ya na Emeka na-alụkọ ọlụ n'otu ebe. Ọ hụ ya tie mkpu jụa ndị be ha ihe o mere. Ha wee kọọrọ ya. O wee kaara Emeka ihe ha kwuru, jụkwaanụ ya otu ihe si wee mee.

O wee kọọrọ ya otu ya siri nwee onye ọbịa na otu ya si wee na-achọ ihe ya ga-azụta, otu ya siri hụ nwanyị ahụ, na ihe ya rịọrọ ya. Nwoke ahu wee wee iwe nke ukwu n'ihi ụzọ ndị ahụ si wee mesoo Emeka. Ọ wee were olu ike kọọrọ ha ihe Emeka kwuru wee baara ha mba si ha ha emekwala ihe dị otu ahụ mgbe ọzọ na ọ ga na-ewetara ha aha ọjọọ. Mgbe ha ghọtara ịhe mere; o wutara ha nke ukwu nke ka nke nwanyị ahụ. Ha rịọ Emeka na nwoke ahụ mgbaghara. Nwanyị ahụ wee bunye ya ji na azụ na mmiị ahụ

dọtara nsogbu, wee nara ya nanị Shịnị isii na sịsị. Emeka kelere ha nke ukwu n'otu ha siri meso ya n'ikpetemaazụ. O wee kelee nwoke ahụ zọpụtara ya ekele nke ukwu. Ha nile wee laa n'ọchị na obi ọma Ị ga-ejiri echiche mara otu obi ga-adị nwanna Emeka mgbe o ruru ụlọ kọọrọ ya otu ha siri wee gaa. Otu ọ dịla, ha weere ya dị ka ihe akụkọ.

Nwa Okoro nwere ihu ọma n'ọlụ nke ọ nọ n'ime ya. Tutu o rue afọ abụa mgbe ọ ga-eji gaa ezum ike ọnwa abụa mbụ, e buliri ya n'ọkwa dị elu n'ime ọlụ ahụ. Ọ bụ ọkwa ịbụ onye isi n'otu mpaghara ọlụ ha. Ihe mere nwa bekee jiri nye ya ọkwa ukwu nke a bụ na ọ maara ọlụ ya nke ọma. Ọ na-erube isi nke ọma. Ọ na-enwe ihu ọchị mgbe dum, dịkwa nwa mma ile anya. Ndị isi n'ụlọ ọlụ ha hụrụ ya n'anya karịsịa ndị ọzọ. Ọ na-afọdụ nwa ihe nta ka ha na-ekuru ya n'ahụ na-akpade ya ka a ga-asị na ọ bụ nwa agbọghọ. Ma nke kachasị ha nile bụ na ozi adịghị araku ya n'ụkwụ. Ike adịghị agwụkwa ya n'ọlụ. Ahụ ya bụ naanị ọlụ, ịghọ nkọ bamiri ya n'ụmị ọkpụkpụ. Ụmụ agwa ọma ndị a na-edu ya n'ọlụ. Ndị isi ha wee na-ebuli ya elu kwa mgbe dịka ndị kapịnta si ebuli elu ụlọ.

Ọ bụghị naanị n'ụlọ ọlụ ka Emeka dị ike. Mgbe ọ bụla ha gbasara ọlụ, ọ laa n'ụlọ ya, ọ lụbakwa ụmụ ọlụ dị iche iche. Ọtụtụ n'ime ha bụkwa ndị ọ na-eji-

rị enweta ego. Mgbe ọ na-eji ezu ike n'ụbọchị na mgbe ọ na-eji ehi ụra n'abalị erughị awa ise. Mgbe ọ bụla ọnwa gwụrụ, ego ọ na-enweta na-adị ukwuu na-atụkwa ya ụjọ. Nke a mere na ọ gara na-etinye ego ya na bankị. Ndị Ndọkị jikwara n'ihi ịdị uchu ya na ịbụ ezi mmadụ ya hụ ya n'anya. Ha na-ewetakwara ya ọtụtụ ihe onyinye. Ndị ezigbo okenye ebe ahụ na-abịakwa n'ụlọ ya, na-akpọ ya 'nwa-afọ'. Ọ na-enye kwa ha anwụrụ na mmaị. Ha na-agọzikwa ya mgbe nile.

ISI 6

## EZUM IKE ỌNWA ABUA.

Mgbe oge ezumike ọnwa abụa Emeka ruru, nwa bekee edeere ya akwụkwọ. O wee kwado ihe nile ọ ga-eji gaa ụlọ ha. Nwa bekee e were moto gaa bulaara ya ihe nile ndị o jiri gaa ụlọ. Ọ bụ ụbọchị ahụ ọ gara ezumike ka o bunyere ya otu ọ gbatumtum mara mma, nwekwaa opi anwụrụ ọkụ abụa. O nyesịa ya ihe ahụ sị ya na ọ bụ ihe ọ ga-eji gbagharịa n'ezumike ya, na ọ bukwaa ya ka ọ ga-eji na-aga ọlụ mgbe ọlaghachiri n'ọlụ ya, n'ihi na o sorola na ndị isi n'ọlụ ha. Emeka wee kelee ya, nke ukwu.

Onyeọcha ahụ buuru ihe ndị ahụ burue ha n'ụlọ ụka ndị Efulu, wee kwasa ha n'ebe ahụ. Ihe mere nke a bụ na ụzọ moto agarughị n'ogbe nke o si n'ime ya pụta. Emeka wee duru nwa bekee ahụ, ha jiri ụkwụ garue n'ụlọ ya. Ndị obodo ya gbakọtara na-eti mkpu na-amakụ ya na-asị ya "Ị lọla." Ha na kwa ekele onye ọcha ahụ, "Mọnị Sa." Ebe dum jupụtara n'egwu na ọñụ n'ihi nlọta ya. Nne ya na ụmụ nne ya bụ ndị ọñụ ha kachasị. Nwa bekee kelekwara nne ya nye ya ego, na akwa mara mma. O nyekwara ụmụ nne ya uwe na uwe-ukwụ, wee laghachi, baa na moto ya, laa.

Ihe juru ndị be ha anya nke ukwu bụ otu Emeka si wee bue ibu. Na mbụ ọ bụ nwa logologo nwata. Ma ugbu a, o toola ogologo, bukwaa ibu. Mgbe o bupụtara ọgbatumtum ya ha nile gbakọtara na-ekiri ya. Ndị ebiri ya

nile, bụ ndị naara akọ ya ọnụ mgbe ọ na-aga akwụkwọ, wee na-ele ya anya ka ewu. Ha amaghịkwa ihe ha ga-ekwu na ihe na ga-eme. Ọ bụ mgbe Emeka jiri wepụtaba ihe o jiri lota ka ha bidoro tụba ya ụjọ, wee mata na ọ bụghị naanị na ọ karala ha na dimkpa, kama na ọ karala ha n'ihe nile mmadụ ji wee na-akarị ibe ya. Ụfọdụ na-aga na-arụrụ ya ọlụ, ọ na-akwụ ha ụgwọ. Ha na-akpọ kwa ya "nna anyị". O ji kwa ọ gbatumtum ya na-agbagharị, na-ara ndụ. Na mbụ, o bidoro rụzie ihe nile chọrọ nrụzi na mbara ezi ha. Ọ rụkwara otu nwaeketeke ụlọ, ebe nne ya na umunne ya ga na-ebi. Ọ bụ gbamgbam ka o jiri rụọ ya.

Ọnwa abụa ahụ abụrụghị ya oge ezu m ike. N'ezi okwu, ihe o jiri ya rụa ma n'ezi nna ya ma n'amaala dị ukwuu. Ihe mmadụ nile ji wee na-ekpupụrụ ya okpu bụ otu o siri nwe ike ijikọta ndị ala ya ha wee rụa ụzọ asaa dị obosara rụbasịa ha n'ime ogbe asaa dị n'Efulu. Mgbe ọ na-alọta, o cheghị n'obi ya na ya ga ịlụ ọlụ ukwu dị otu ahụ. Ọ dịghịkwanụ mgbe o chere na ụzọ adịla ndị ala ya mkpa. Ụta ọ bụla adịrịghị ya n'ihi na e lee afọ ya anya, a hụ na ọ ka bụ nwatakịrị. Ndị ebiri ya nọ n'ụlọ akwụbabeghị ụgwọ isi afọ. Ha amabeghị tụda gbalaga. Naanị ihe ha maara bụ chi saa ụbọchị ọ bụla ha elojue ụtara akpụ afọ, tichaa aka n'ike, chịrị osisi, na mma gaa ịchụ nta ọsa na ewi. Ha lọta, anyasị, ha akpọrọ ụbọ kụrụ/ekwe mkpọtọmkpọ gaa egwu ọnwa.

## ONYE ỌMA EMEKA

Ọ bụ onye amaghị ihe, mkpa ezi ya. Ọ bụ ọgbatumtum ziri Emeka ihe dị obodo ya mkpa. Mgbe o buuru ọgbatumtum ya lọta, ọ hụghị ụzọ ebe ọ ga-na-agba ya. Ọ wee na-edete ya n'ụlọ onyenkuzi ụka bi n'ala ha. O wee chee ihe ọ ga-eme wee nwee ike na-ebu ya ala n'ụlọ nna ya. O chetara na ihe ọ ga-emerịrị bụ ịlụ ụzọ. Mgbe o chetara nke a, o chetakwasịrị na ụzọ ahụ dị ndị ọzọ bi n'ogbe ndị ọzọ mkpa dị ka ọ dị ya. Nke ọzọ, ọ matara na ya agaghị enwe ike ịlụ ụzọ ọ bụla ma ọ bụrụ na aka ndị ala ya adịghị ya. O rue n'otu anyası ọ gaa n'ụlọ onye eze ha; kaara ya na ọ dị mkpa nke ukwu ka ha hụ na e tinyegasịrị ụzọ n'ogbe ha nile. Ọkakwaara eze ahụ na ọ bụ otu ahụ ka ndị obodo dum ndị maara ihe na-eme. Ọ sịkwara ya na ọ bụ ihe ihere na obodo dị ka Efulu enwebeghị ụmụ-ụzọ a ga-esi na-aga n'ogbe dị iche iche n'ime ya, na obodo ọ bụla na-enweghị ụzọ bụ mba ọhịa.

Eze ahụ gere ya ntị nke ọma. Ha tụrụ ililo otu ha ga-esi kpọ ndị obodo wee kaara ha ihe dị otu ahụ. Ha wee kaa ụbọchị ha ga-ahụ ndị obodo anya maka ya. Mana eze ahụ gwara ya na ọ bụ ya bụ Emeka ga-agwa ndị obodo okwu ma ha gbakọta, n'ihi na ọ bụ ya bụ onye maara otu a ga-esi rụa ya bụ ụzọ. O wee kwere na ya ga-eme otu ahụ. Eze wee kụara ndị ala ya ekwe kaara ha ụbọchị ya chọrọ ị hụ ha n'obi ya, na ọ dị izu dị mkpa ha ga-agba. Ụbọchị a kara aka wee rue. Ndị Efulu wee zajue n'obi eze ha. Emeka

kekwara ekike dị ka ndị ala ya wee gaa n'obi eze. Ha nile wee nọdụchasịa ala. Onye eze wee pụta kelee ha nile. Ha wee kelekwaa ya dị ka ha na-eme. O nyere ha ọjị. Ha waa ọjị, taa. O wee bilie sị ha, "Ndị be anyị mma mma nụ," ha kwe, "Ihaa." O tuo ha, "Maazị maazịnụ." Ha tuo ya Ezeọsụdo. O wee sị ha na ọbụ ezie na ọ bụ ya kpọrọ ha, na ọ bụghị ya bụ onye ga-agwa ha okwu. Ọ sịkwara ha na ya anụchasịala ihe ahụ ọ wee dị ya obi mma; ya wee kpọọ ha; na onye ga-agwa ha ihe ahụ bụ Emeka Okoro, nke hạ matarala na o sị ọlụ bekee lọta ezum ike. Ihe nile nwata ahụ ga-agwa ha, na ya kwadoro ha; na a sị na onye ije kara onye ọ nọdụala ihe ama. Ọ kpọpụta kwara Emeka n'ihu ha sị ya: "Nwa nnụnụ mara ihe o bere na mbụ, ya bekwa ọzọ ka ọha mmadụ wee sorom nụrụ." O kelee ndi ala ya, gaa n'oche ya, nọdụ ala.

Emeka e wee kelẹe ndị be ha nke ọma. Ha e kelee kwaa ya; were anya bokwasị ya n'ihu. O wee bido kaara ha otu ụzọ siri bụrụ ihe di ha mkpa nke ukwu. Otu o siri wee kwue okwu, na otu o si eme umere mgbe ọ na-ekwu okwu masịrị ọtụtụ n'ime ha nke ukwu. Okwu ya dum tọrọ ha ụtọ. O bụ naanị umụakanogholi ole na ole sịrị na okwu ya adịghị mma, na ọ na-achọ ka ha lụara ya ụzọ ebe ọ ga na-agba ọ gba tum tum ya. Ma n'ikpetemazụ, ha kwekọrịtara na ha ga-arụ ụzọ asaa rụbaa n'ime ogbe asaa dị n'Efulu. Ha kwadokwara na ọ bụ onye eze ha na Emeka ga na-elekọta ha anya ma ha na-arụ uzọ ahụ. Ha were kaa ụbọchị ha ga-ebido ọlụ ahụ. Emeka na Eze wee kelee ha. Ha nile wee laa. Mgbe ha na-ala, ọ bụ naanị ụka

banyere Emeka na nna ya, Okoro ka ha na-akparịta Ọ bụ ugbu a ka ha bidoro na-amata uru ụlọ akwụkwọ. Okoro zigara nwa ya ga-abara, ma ezi-n'ụlọ Okoro, ma Efulu nile.

Ịlụ ụzọ ahụ abụghị ihe nta. Ọ bụ ezie na ha nile ekweṛitala na ọ bụ ihe dị mma ka ha mee, mana ọlụ na nsogbu dị n'ime ya kariṛị ya. Nsogbu mbụ dị na ya bụ ị mata ebe ụzọ ahụ ga-esigasi gaa. Nke ọzọ bụ inwe ike chịkwa ndị Efulu ma ha malite ọlụ ahụ, n'ihi na ọtụtụ n'ime ha bụ ndị isi ike na ndị amaghị ihe. Ọ dịghị onye na-ekwe nke ibe ya kwuru. Ọ dịghịkwanụ onye na-ekwe ka ihe ya fue, ma ọ bụ bara onye ọzọ uru mkpụrụ ego isi kworo. Onye eze na Ọkpara Okoro matara ihe ndị a, n'ihi ya, ha abụa nọrọ nzukọ wee kpadoo otu ha ga-esi chịkwaa ọlụ ahụ, o wee gaa nke ọma.

Ihe mbụ chere ha n'ihu bụ ị mata ebe ụzọ ahụ ga-esi gaa n'ihi na ha matara na ọ dịghị onye ọbụla na ndị ha ga-ekwenye ka ụzọ siri n'ala ya gabue. Ihe butere nke a bụ na ha kwere na ọnye alụlụ ụzọ n'ala ya, na igiridi ụkwụ mmadụ na nke mmụọ, na nke ụmụ anụmanụ ga-eme ka ala ya nile nwụa. Nke a ga-apụta na ala onye ahụ agaghị na-emetakwa ihe ubi ma ọlị. Ọzọ kwa bụ na ala onye ahụ agaghị ebukwa ibu n'ihi na mwepụ abụghị ntinye. Iji wee meri nke a, ha kpọrọ ndị okenye obodo ha mmadụ abụa tinyere onwe ha wee gaa lemachaa ala ha dum wee tụa ebe ụzọ ahụ nile ga-esi wee gaa. Ha tikwara iwu sị na onye ọbụla na-ekweghị ka ụzọ gabuo n'ala ya, ha ga-amapụ ya n'emume ala ha nile. Nke ọzọ, ọnọdụ

onye ahụ nime ama-ala ga-ajọ njọ karịa nke ọhu agbatara agbata.

Ha gbara izu banyere otu ha ga-esi wee chịkwa ndị ọlụ ahụ, ka isi ike, na aghara ghara ịpụta mgbe ha palitere irụ ọlụ ahụ. Ha chepụtara ụzọ ihe abụa ndịa; Na ha ga-eke ọlụ ahụ eke; nke ọzọ, onye na-abịaghị ọlụ ahụ na ha ga-ada ya nra. Onye bịa ọlụ ma ọ rụsịghị ọlụ ike, ha ga-adakwasị ya nra. Ha kwuru na ha ga-eke ụzọ ahụ ụzọ ise, ke kwaa ndị ga-arụ ọlụ ụzọ ise. Otu otu arụa ọkara ise ụzọ ahụ. Onye na-abịaghị ọlụ ahụ ga-akwụ ha pam abụa na shini abụa. Onye bịara ọlụ, ma ọ rụsịghị ọlụ ike, ma ọ bụ mee isi ike n'ụzọ ọbụla, ga-akwụ ha shini ise.

Ọ dị kwa ihe ndị ha chepụtara ha ga-eme ka obi wee dị ụmụokorọbịa ndị ga-arụ ọlụ ụtọ. Ha sịrị na okenye ọbụla dị n'Efulu na-enweghị ike ọlụ ga-azụtara ndị ọlụ ahụ otu ite mmaị. Onye emeghị otu ahu o wetara ha shini ise. Ndị okenye dị n'ala ha karịrị ọgụ anọ na iri. Nke a pụtara na ụmụokorọbịa rụsịa ọlụ ụzọ ahụ ụbọchị ọbụla ha a gaa ñụa ite mmaị karịrị ọgụ anọ na iri. Echiche nke a mara mma nke ukwu n'ihi na ọlụ ọbụla ụmụokorọbịa Efulu ga-arụ, mmaị dị nime ya a mara na ọ ga agwụ n'otu ntabi anya.

Ha bụ ndị-kama mmaị ga-adọ n'ite, ya dọrọ n'afọ. Ihe imede obi ọzọ ha chepụtara bụ ị kpọ ndị ụñara. Ha kwuru na ha ga-akụrụ ndị ụñara nile dị n'ala ha ekwe gwa ha ka ha chịrị ihe ụñara ha bịa, na-emere ndị ọlụ ụñara ụbọchị ọbụla ha garụ ọlụ. Ndị ụñara ha nwegara bụ ndịa; Ọkwaọja; Ọkwaekwe, Ọkwaopi, Onye enine, ndị ọkwa ugene abụa, na ndị ṇa-akụ

igbaeze. Mgbe ha chepụtasịrị ihe ndị a n'ime nzukọ ha, obi tọrọ ha ụtọ nke ukwu. Ha wee nọdụ ụbọchị ahụ, kaa ọlụ ụzọ ahụ Ekenaatọ. Mgbe ha na-agbasa, ha gwara onye eze ka ọ kaara Ogbuekwe, ma ọ bụ onye agogo ka ọ kụara ndị ala ha ekwe wee kaara ha ụbọchị ha kara ọlụ; na ihe ndị ọzọ ha chepụtara banyere ọlụ ahụ. Onye eze wee kwere ha, sị na nwa nọ n'afọ maara nke ahụ. Ha nile wee tue ibe ha mazị mazị, wee lasasịa. Obi dị ha nile ụtọ mgbe ha na-ala, ma onye obi ụtọ nke ya karịsịrị bụ Ọkpara Okoro. Ọ dị ya n'obi ka a ga-asị na ya arụchaala ihe ya nwere ịrụ n'ụwa. O kelekwara Olisa sị na ọ bụ Ya na-awanye ụzọ n'oke ọhịa.

Onye eze wee rue ụlọ ya, wee kaara onye agogo ka ọ gaa kụara ndị ha ekwe wee kaara ha ihe nile ha kwuru n'ime nzukọ ha. Onye agogo wee tụtụrụ egwe ya; tụnye n'aka mapụa. O wee kụa ekwe ya; kpọ-kpọ-kpọ-kpọ-kpọ-kpọ-kpọ-kpọ m! kpọ-kpọ-kpọ m! kpọ-kpọ-kpọ m! Kurusie ume ike tigbọ sị;

"Ibe anyị O-o-o-o-o-o------!<br>
Ma nwata ma okenye O-o-o!<br>
Eze sị m gwa ụnụ O-o-o!<br>
Na anyị ga-alụ ọlụ ụzọ eke na atọ O-o-o!<br>
Onye abịaghịnụ pam abụa shini abụa O-o-o!<br>
Onye ụda na onye isi-ịke shini ise O-o-o!<br>
Onye okenye ọ bụla otu ite mmaị O-o-o!<br>
Onye emeghịnụ shini ise O-o-o-o!<br>
Ndị ụñara na ihe ụñara ha O-o-o-o!<br>
Ọ nụrụ kara ibe ya O-o-o-o!!"<br>
kpọ kpọm kpọ kpọm kpọ kpọm.

Otu a ka ọ mara agogo ya gazue Efulu dum. Mmadụ dum nụzuru ihe o kwuru. Otu ha siri tinye iwu n'ime ya bụ ọlụ tọrọ mmadụ nile ụtọ. Ha nile wee nọdụ na njikere wee rue ụbọchị akara aka.

ISI 7

## ỊRỤ ỤZỌ EMEKA

Ọ dịghị anya ẹke na-atọ rue. Mgbe chi na-asala, ndị ụñara nile emetụ ihe ụñara ha. Ha na-emeku ụmụokorobịa Efulu, na-asị ha pụtaba na ubọchị eruela. Ha na-etukwa ha oke aba dị iche iche, na-akpọkwa ha aha n'otu n'otu, na-asị ha onye ọ bụla buru ihe ọlụ ya pụta na mkpa mkpa ga-akpa. Ụmụokorobịa dum, nke nụrụ ụmu ihe ụñara ndị ahụ dum, nke kanụ ka a kpọrọ aha ya, o buru ihe ọlụ ya kesie akwa ike n'ukwu ya, zacharịa, gbara ọsọ gaa n'obi eze ha. Tutu elekere isii na ọkara na-akụala, amakwaghị ihe e ji ụmụokorobịa eme n'obi onye eze Efulu. Ọ dịghị onye ọ bụla na-abịaghị ọlụ ahụ, ma e wepụ ndị okenye na ndị ọrịa. Ebe nile na-azụ gidi gidị. Mmadụ na-arị ibe ya elu.

Ọkwa-ọja na Ọkwa-opi tụtụrụ ihe ha pịanye n'ọnụ fụba ntụfụrụ. Ọkwa-ekwe na-esu ihe dị ya n'aka. Ndị ịgba-eze korosịa ịgba ha na-edepịa ihe ha mụrụ amụ. Obi ha nile fụliri elu dị ka nku toro-toro. Ihe dị ha n'obi bụ sị zi ha ọlụ ka ha mapịasịa. Obi tọrọ Ezeọsụdo na ndị okenye na Emeka ụtọ nke ukwu dị ka ndị ha siri wee zaa oku a kpọrọ ha.

Eze wee gaa guzo ebe ọ na-eguzo agwa ha okwu; wee chịa ọchị, fufeere ha aka nri ya, welite olu sị ha;

"Efulu kwenụ!" ha kwee, "I yo-o!"
"Mba ukwu kwenụ!" "I yo-o!"
"Ụmụokoro m kwenụ!" "I yo-o!"
"Ihe siri ike!" "Anyị na-eme ya-o-o-o!"

# ỊRỤ - ỤZỌ - EMEKA

O wee sị ha na chi efolaa. Na ọ bụ ụbọchị ahụ ka ha ga-ezipụta na ha bụmba ukwu. O kelee ha otu ha nile si wee bịa maka ọlụ ahụ, sịkwa ha na ya ji n'aka na otu ọ dị ha n'obi na ha ga-akpọ ọlụ nile ha nwere ụbọchị ahụ ka a kpọrọ anwụrụ. Ha nile wee chịa, fufekwaa ihe ọlụ ha nile n'elu. O wee gbaa ha ume nke ukwu, wee kaara ha na ndị okenye ga-emeta ha mma site n'inyeju ha ihe eji akpọni ihu elu afọ. Ha wee ñụrịa. O wee sị Emeka ya bịa kaara ha otu a ga-esi lụa ọlụ ahụ. Emeka wee pụta kelee ha nke ọma. Ha kwere ya tue kwa ya oke aha dị iche iche eji aja mmadụ. O wee kaara ha otu ha ga-esi rụa ọlụ ahụ, wee kebikwaa ha ụzọ ise dị ka ha chepụtara. O ka kwaara ndị ọbụla ihe ha ga-arụ na otu ha ga-esi rụa ya.

Ha wee nukọrọ gaa ọlụ. Emeka na onye nkuzi, na ndị Okenye abụa ndị ọzọ soro-kwaara ha gaa na-achị kwa ha. Ha nile jiri obi ha nile rụsie ọlụ ike. Isi ike, aghara, na aghụghọ ọbụla apụtakwaghị ma ọlị. Ndị ụñara na-agagharị kwa were kwa ihe ụñara ha na-etu hạ aha na-aja ha, na-agba kwa ha ume. Ha jiri otu obi na-alụ ọlụ ha nke ọma. Ha na-agụ kwa egwu ọlụ na-ekwe, obi wee na-atọ ha dịka nnu. Otu nime egwu ha bụ nke a:-

Ụmụ okorobịa Efulu;
Sụrụ ụzọ Efulu gawa n'ike,
Sụrụ ụzọ Efulu

# ONYE ỌMA EMEKA

Ezeọsụdo Efulu;
Sụrụ ụzọ Efulu gawa n'ike,
Sụrụ ụzọ Efulu.
Emeka Okoro Mba;
Sụrụ ụzọ Efulu gawa n'ike,
Sụrụ ụzọ Efulu;
Ndị okenye Efulu;
Sụrụ ụzọ Efulu gawa n'ike,
Sụrụ ụzọ Efulu.
Ụzọ bekee agawa Efulu;
Sụrụ ụzọ Efulu gawa n'ike,
Sụrụ ụzọ Efulu
Ọ gba-tum-tum Emeka,
Sụrụ ụzọ Efulu gawa n'ike,
Sụrụ ụzụ Efulu.
Ndị ihe ọma na-atọ ụtọ;
Sụrụ ụzọ Efulu gawa n'ike,
Sụrụ ụzọ Efulu.
Anyị e kelee Olisa;
Sụrụ ụzọ Efulu gawa n'ike,
Sụrụ ụzọ Efulu.

Mgbe elekere anọ nke ehihie na-akụọla ndị otu ise ahụ arụsịalarị ọlụ dum a sị ha lụọ ụbọchị ahụ. Ndị isi chịkwara ha nke ọma. Ọ dịghị onye ha tigburu. Ọ dịghịkwanụ onye ha zọpịara. Ha wee tiri egwu ha laa n'obi eze. Ndị okenye wee bunye ha ọtụtụ ite mmaị Ndị nwunye

ha bute kwaara ha erimeri n'ebe ahụ. Ha wee rijue afọ tutu ha ṅụwa mmaị. Ha jikwara anya udo ṅụa mmaị ahụ n'egwu na ọṅụ. Ọ bụ Emeka zịrị ha otu e si ekema oke, esem okwu ewee ghara ipụta. 2/28

Mgbe nke ahụ gasịrị, ha wee kachie ụbọchị ọzọ ha ga-alụ ọlụ ụzọ ha ahụ, wee laa. Ọṅụ jupụtara n'obi onye ọbụla bi n'obodo ahụ ụbọchị ahụ ha palitere ịlụ ụzọ ha. Ọ dighị ihe ọzọ a na-ekwu ebe ahụ na-abụghị ihe banyere ụzọ ahụ, na ihe banyere nwa Okoro. Iji wee gosi obi ụtọ o nwere banyere agam n'ihu nke ọ na-eme ka ndị ya nwe; mgbe ndị ọzọ ṅụsịrị mmaị gụrụ egwu na-ala, onye eze kpọọrọ Emeka baa nime ụlọ ya. O nyere ya nnukwu ọjị ugo atọ buru ibu, sị ya chịnye n'akpa ya, ọjị rue ụlọ, ọ kaa onye wetara ya. Ọ bakwara n'ụlọ ya wepụta otu karama mmaị ọkụ a na-kpọ 'njenje' nye ya, sị ya gbara oke o nwere ike iṅụ. O nyekwara ya tọmbele ndị ọcha Jamaanị nyere ya mgbe ochie. O wee were ya gbajuo mmaị ọkụ ahụ ṅụa. Eze were kwa gbajue ṅụa. Emeka aṅụghị ya nke ga-egbu egbu n'ihi na ọ marala ụdị mmaị ọ bụ. O kelekwara eze ekele nke ukwu. Eze kelere ya karịa n'ihi echiche ọma ya nile, na otu o siri nwe ike ịchịma ọlụ nke ọma. Ọ rịọkwara ya ka o jisi ike bịa na mgbe ọma n'ụbọchị ahụ ọlụ ha ga-abụ n'ihi na ọ bụ ya bụ udide na-akwa nka dị n'ọlụ ahụ. Emeka e kwere ya, sị ya e sogbula onwe ya maka nke ahụ. Na ọ bụrị ya onwe ya ka ọlụ ahụ dị mkpa karịa onye ọbụla, n'ihi na ọ bụ ya maara uru ọ ga-eweta ma ha rụsịa ya, mata kwa ihe ihere dị na ya ma ọlụ ahụ laa azụ. Ha wee kwerịtaa onwe ha n'aka, Emeka wee laa

ONYE - ỌMA - EMEKA

Ọ dịghị anya ụbọchị ha kachiri ọlụ ahụ wee rue. Ha nile wee pụta rụchasịa ọlụ nile fọdụrụ ha n'ụzọ ahụ. Ọ dịghị esemokwu ọbụla ma ọ bụ ihe ndapụta ọbụla pụtaara ha n'ọlụ ahụ. Bido ọbọchị ahụ, ndị ogbe Emeka wee nwee ụzọ bekee a rụrụ nke ọma. Ha mekwara ememme imeghe ụzọ ahụ. N'ememme ahụ ha mere ihe nkiri dị iche iche. Otu n'ime ihe nkiri ndị ahụ bụ ọgba tum tum nke Emeka sitere n'ogbe ya gbara gaa n'ụlọ chukwu ha lọghachị kwa. Na mgbe uhuruchi ụbọchị ememme ahụ ndị ala ahụ dum gara n'ụlọ eze ịza okụ añụmañụ mmaị nke eze kpọrọ ha. N'ime añụm mmaị ahụ, eze nọ n'ukpo eze ya. Ọ bụ Emeka ka o mere onye isi oche. Mgbe ọ gaara ịjụnụ, eze baara ya mba n'ụzọ ọchị sị kwa ya gaa nọdụ ọdụ. Ya echela na ọ bụ ya bụ eze ga-anọ n'isi oche n'ihi na eze adịghị eze n'ụlọ ya. Nke ọzọ bụ na ọ bụ otu isi ka mmadụ na-egbue wee zawa ogbu isi. Emeka wee nọdụ n'isi oche. Mmadụ nile nọdụkwara ala. Ha wee rie, ñụa, kwue kwa okwu dị iche iche banyere otu ha ga-esi mepee ala ha.

Ndị ala ahụ gwara Emeka na eze, na ọ bụ n'aka ha abụa ka ha ranyere ị na-achọpụta na ị na-akara ha ụzọ ọbụla ha ga-esi gaa wee mepee obodo ha, mee ya ka ọ pụta ihe dịka ala ndị ọzọ dị ha buru buru. Eze ha na Emeka kwerekwaara n'ihe nile a gwara ha.

Chukwuemeka, bụ Ọkpara Okoro gwara ha okwu igba ume dị iche iche. Eze kele kwara ha otu

ha siri za ya oku, ma n'ọlụ ha rụrụ, ma oku añụm mmaị nke ya kpọrọ ha, n'ihi na a sị na ọ bụ nwa-adịke kpọrọ oku a za ya, sie erimeri hụ ndị riri ya. Eze ekwusịa okwu wee kelee ha; ha lasịa.

ISI 8

## NGWỤCHA EZUMIKE

Ndị ala anyị sịrị na ihe ọ bụla a kara aka agaala agaa. Mgbe ezum ike Emeka araghị ahụ gasịa, O wee bido jikerewe ị laghachị n'ọlụ ya. Nwa bekee deere ya akwụkwọ, were kara ya ụbọchị ọ ga-ejiri moto bịa n'ụlọ ha bukọrọ ya na ihe ya nile wee laghachi Ndọkị ebe ọ na-alụ ọlụ. Obi dị nne ya mma nihi ọlụ nile ọ rụrụ na mgbe ezum-ike ya; nke ka nke nihi ụlọ ọ rụụrụ ha. Mana o nwere ihe o chere fọdụrụ nwa ya ga-emee obi e wee dịruo ya mma ala. Nke a mere ka nwanyị ahụ kpọọ nwa ya ka ha kparịa ụka n'otu abalị. Mgbe ọ batara n'ụlọ nne ya, Mgbọ wee sị ya; "Emeka, nwa m, obi dị m nọọ ụtọ n'ebe ị nọ. E nwere m ntụkwasị obi na e lem anya dị ukwu n'ebe Ị nọ nihi na agbọ mịchikwara ihe akụrụ ya. Nke ọzọ, bụ na obi na-eji nwa adịghị agba aka nwa. Obi Mba abụghị obi nta n'Efulu. Nke ọzọ ọ dịghị ofeke nna gị bụ mgbe ọ dị ndụ. Ọ bụ ihe ndị a ka m na-echeta na m hụ otu ị na-aga n'ihu ugbu a obi abụrụ m nnu na nnu oyibo. Nwa m mana o nwere otu ihe Ị ga-ejisi ike mekwuo obi adị m mma dịruo m ala"

Emeka wee sị ya, "Nne, ole ihe ọ bụ?" Nwanyị ahụ wee sụọ ude, sụmụrịa ọchị sị ya; 'Nwa m Ị nụrụ ilu m tụrụ na mbụ sị na obi na-eji nwa adịghị agba aka nwa. Biko nwa m Ị ga-ejisi ike chọwa nwa mmadụ gaa kpọta, ka gị na ya nọdụ wee mara ma ụnụ ga-akụchi kwa mkpụrụ na mbara be nna gị dịka nna gị mere.

Nwata ahụ nwere uche nke ukwu. Ọ bụ ezie na ịlụ nwanyị adịbeghị ya n'obi mgbe ahụ, mana o nyere nne ya ụsa dị ya mma n'obi. Ọ kaara ya na ihe ahụ ọ gwara ya dị ya ụtọ nke nkwu. O zipụtara na ọ na-echere ya echiche ndụ. O kelee ya nke ọma sị ya na ya ga-ebido lewe anya ma ọ dị onye ya ga-ahụta ga-abụ uche ya. Nne ya wee kaara ya na o nwere ndị ya matara na-enwebeghị na'be ndị ha nọ, na ha mara mma nke ukwu, na-aga kwa ozi nke ọma. O wee sị ya hapụwa ndị ahụ na ọ bụ ya ga-ejiri aka ya chọta n'onwe ya dịka ndị ugbu a na-eme. Nke ọzọ na ọ bụ onye maara akwụkwọ nke ọma ka ya ga-alụ. Mgbọ wee sị ya; "Ọ dị mma nwa m, biko Olisa na ndị ichie nọnyere gị ka i wee chọta onye mma ya dị n'obi na n'omume, na-abụghị mma n'ihu mkpọrọgwụ olugbu nime obi". Emeka wee kelee ya gaa kekwawa ihe ọ ga-eji laa Ndọkị.

N'echi ya, onye ọcha ọ na-arurụ ọlụ e buru moto ya wụchaa. Ọ bụ n'ụlọ Chukwu Efulu ka ọ kwụsịrị moto ya, na-ele anya ebe Emeka kwasara ibu ya. Ọ dịghị ihe ọ hụrụ. O wee rịtuo na moto, jiri ụkwụ na-achọ ị ga n'ụlọ ha. Onyenkuzi Ụka ha wee pụta kelee nwa-bekee ahụ, "Gudu mọnị sa". O wee kwere ya. O jiri kwa ọlụ Bekee jụa ya ebe ọ na-aga. Ọ gwa ya na ọ bụ n'ụlọ Emeka Okoro. Ọ wee jụkwa ya ihe mere na ọ chọghị ijiri moto ya garuo ebe ahụ. Onye-ọcha ahụ wee kụja, lee ya anya. Jụa ya onye ọ bụ. Ọ sị ya na ya bụ onyenkuzi-ụka Efulu. O wee sị ya na ihe mere bụ na ụzọ e si aga n'ogbe ha adịghị mma igba moto. Onye nkuzi e

wee chịa ya ọchị, sị kwa ya na ọ dị taa abụghị ọ dị ụnyahụ. O wee gwa ya na ndị ogbe ahụ e nweela ụzọ moto mara mma. O zikwara onye-ọcha ụzọ ọhụrụ ahụ wee kaara ya na ọ bụ enyi ya nwoke, Emeka, mere ka a rụọ ụzọ ahụ. Obi tọrọ nwabekee ahụ ụtọ nke ukwu. O toro ụzọ ahụ, too kwa Emeka na ndị ogbe ya ndị rụrụ ya. Ọ banye kwa na moto ya, nyara ya gaa n'ụzọ ahụ, zọchie n'ọnụ ụzọ ama Okoro. Ndị ụlọ Emeka na ndị ala ya ndị bi nso wee pụta kelee ya. Ọ sịrị nwa-ọlụ ya na ha rụrụ ọlụ dị ukwu, site n'inwe ike rụta ụzọ mara mma dịka nke ha. O kele kwara ya, sị ya na ya anụla na ọ bụ ya bụ mbu-ụzọ egwu n'ime ya bụ ọlụ ụzọ. O wee kelee kwa nna ya ukwu sị ya na ọlụ ahụ bụ ihe sitere n'aka Olisa, na ọ bụ ya duru ha, ha wee nwee ike ịlụta ya nke ọma. Ọ ka kwaara onye ọcha na ihe dị ya ụtọ n'ime ya, bụ na ọ dịghị esem okwu na aghara, ma ọ bụ ihe ndapụta pụtara mgbe ha na-alụ ya. Ha wee ñụrịa, chịa ọchị, kelee kwa Olisa.

Ha wee bukọrọ ibu ya tinye na moto. Mgbe ha na-ebu ibu ahụ nile, nne Emeka bịakutere ya, sị ya: "Nna, olee ihe m ga-esiri nna gị ukwu ga-adi ya mma?" "Ọ chịa nne ya ọchị sị ya na ọ gaghị enwe ike isiteli nri ọ ga-eri, na ọ bụ ndị azụrụ azụ n'isi nri na-esiri ya ihe ọ na-eri. Ọ jụkwaa ya; "olee kwanụ ihe anyị ga-enye ya? I chetakwara ihe nile o nyere anyị mgbe o bulatara gị? Ọ dịnụ mma ka anyị gbawa ya aka? Ọ za ya sị; 'E sogbula onwe gị, nne. Onye metara enyi mmọmị-wọta amarala otu ha si aga. A zụtala m ihe a ga-

enye ya ma ndị ọ ga-eri eri, ma ndị ọ ga-eji laa n'ụlọ ya n'ime ụlọ-akụ. A ga m emekọta nke mụ na ụnụ." Nne ya wee chịa ọchị gbasapụkwa ihu ya sị; "O nwa m, I meela: ọ bụ ihe onye maara ka ọ na-aza dike ya." Otu ihu ha gara agba izu ahụ, otu nwata epiopụ, gbara ọsọ gaa kaara Ezeọsụdo na onye ọcha Emeka ha abịala iburu ya. Eze ewe zie ozi ka Emeka duru nna ya ukwu nwabekee bịa n'ụlọ ya. Mgbe e ziri ya ozi a, obi tọrọ Emeka ụtọ. O kwee n'isi, sị na ya na onye Eze ha abụrụwala nnu na mmanụ.

Ha kwazisịa ihe na moto, ọ kaara nna ya ukwu na Eze ha chọrọ ka ha bịaruo n'ụlọ ya. O kwee n'isi sị na ọ dị mma. Onye ọcha jụrụ ya otu eze siri wee mata onye ya bụ. O wee kọọrọ ya na ya kaara eze ọtụtụ ihe banyere ya. Ha wee gaa n'ụlọ eze. Ha ji kwa moto na ọgba tum tum gaa, n'ihi na ụzọ Bekee agabuela n'ọnụ ụzọ ama eze. Otu ihu ha zọbatara ụkwụ n'ezi ya, Ezeọsụdo agbaa ụda Ogbenduru, ma ọ bụ kurutu asaa. Nke a bụ iji wee sị nwabekee Ị bịala. O zutekwara ha n'ọnụ ụzọ ama ya, kwee onye-ọcha n'aka kele kwaa ya, 'Mọnị saa.' Mgbe ha kelesịrị ekele, o duru ha baa n'ime ụlọ ya.

Ihe mbụ o nyere ya bụ mkpụrụ (ọjị gworo) asaa buru oke ibu. N'ime ha Emeka were otu tinye n'akpa uwe ya n'ihi na ọ bụ ya ka a kpara ọjị n'aka. Ọ chịrị kwa ise kachasịnụ chịnye onye-ọcha sị ya tinye n'akpa uwe ya, na ọ bụ ọjị rue ụlọ ọ kaa ebe o si. O wee chịa ọchị nara ya, chịnye n'akpa uwe ya, too kwa ọjị ndị ahụ otu ha siri wee bue oke ibu. Emeka e were ọjị nke fọdụrụ nye eze, sị ya meziere ha n'ihi na ọjị eze dị eze n'aka.

## NGWỤCHA EZUMIKE

Eze wee gọdo ọjị sị:

"Nnukwu nwoke nọ n'elu, ị hụlanụ.

Lee ihe ọma ka ha soro nwantakịrị a na nna ya ukwu na-abịa n'ala anyị; biko ihe ọma ahụ tọọ kwa atọọ.

Ụtụtụ tụtụrụ njọ pụa, ma tụtụbatara anyị ihe ọma.

Onye sị na ihe ọma adịghị mma, ọ tụtụta ihe ọma n'ụzọ, ya dafunahụ ya.

Nwabekee na Emeka, ụnụ ga-adị ndụ, dị, kaa nka.

Ọlụ ụnụ ga-edu ụnụ nka.

Ọ bịara be onye abịagbula ya, ka ọ na-ala, mkpumkpu azụ apụla ya.

Ụmụ anyị, ụnụ ga-adị.

Mụ onwe m ga-adịkwara ụnụ."

Mgbe ọ na-agọdo ihe ndịa, ndị ya nọ ebe ahụ na Emeka na-ekwere ya "ịhaa! ịhaa! ịhaa!" Onye ọcha na-achị ọchị na-ekwe ya n'isi n'ihi na Emeka akaalara ya otu ndị be ha na-esi agọdo ọjị. Ọ gọdosịa ya, waa ya, ha taa.

Onye ọcha sokwaara ha taa n'ihi na ha nile kwọrọ aka ha na mbụ; a sakwara ọjị ahụ asa nke ọma. Eze a baa ime ụlọ wepụtara ha otu karama mmaị ọkụ brandi, na olilo biạa ise. Ha wee ñụa olilo biaa otu

otu. Eze sịkwara onye-ọcha ya chinye ndị fọdụrụ na moto ya, ọ ga-eji maa aka akpa mgbe o ruru ụlọ. Ha e kwuchabedighị ihe ha kpọ n'ọnụ, nwunye eze, nke makarịsịrị ndị ọzo nile na mma eburu otu nnukwu aiere obosara nke ihe onyinye dị iche iche jupụtara, pụta, dọba ya n'ihu di ya, tuekwa ya aha. O kele kwara nwabekee, 'Mọnị Saa.' Onye ọcha biliri ọtọ wee kelee ya dị ka ndị ala ya na-eme

Nwunye eze a mara mma nke ukwu. Ọ dị ọcha. Aha ya bụ Ọchadịmma. I lebe ya anya, anya ya adị ka ihe na-elonwụ elonwụ. Olu ya dị ka nke ele, kpọ kwaa nkere nkere Agịrị isi ya na nke mmọmiwọta bụ otu. Otọpụtara ihe bụ agbara nwanyị na-aga nwayọọ dị ka ńdùrú. Olu ya na-apụta dị ka nke une. Onye ọcha elesịa ya anya, kpọọ n'ubu, sị na ya a hụbeghị onye mara mma dị otu ahụ n'ala isi ojii. Eze wee sị Emeka ya buru ihe onyinye ndị ahụ bunye nna ya ukwu. Ya kaara ya na ọ bụ iji wee zi ya na omume ọma, nkpazi ụzọ, amara, na ịhụ n'anya nke o ji n'ebe ya bụ Emeka nọ tụrụ ya na ndị ala ya dum oma nke ukwu. Ya jidekwa ka o ji na ọ na-abụ onye mezie, asị ya jide ka o ji. Ma onye mejọọ, agbafue ya n'azị. O wee buru ihe ndị ahụ bunye nna ya ukwu kọkwaara ya ihe nile Eze kwuru.

Mgbe ahụ onye ọcha jiri obi ụtọ na nsọpụrụ wee bilie ọtọ wee kelee Eze, na Emeka na nwunye eze. Okwu ekele ya bụ ndị a; "Eze, e ji m obi ụtọ na ọñụ, na nsọpụrụ na-ebunye gị nnukwu ekele. Ekelekwaa m gị, nwunye eze, gị na Emeka. Ihe m jiri na-ekele gị, eze, bụ na ọ dịbeghị mgbe mụ na gị mekọtara ihe.

## ỌNYE ỌMA EMEKA

Ọ dịghịkwanụ otu i siri were mata m na mbụ na-abụghị n'akụkọ banyere m ị nụrụ site n'ọnụ nwa ụnụ nke a. Ị sịghịkwanụ ka gị lee mata ma ihe nile ọ kaara gị banyere m, ma ha bụ n'ezie ma ha abụghị; kama i kweere ha nile wee buru ihe onyinye ndị mụ na-ekwesịghị ị nara wee bunye m. E kwuru m na mụ ekwesịghị ị nara ha, n'ihi na ọ dịbeghị ihe m hụrụ, m meere nwata a na-abụghị na m weere ya n'ọlụ. Achọba achọba ọ bụ mụ kwesịrị i kele ụnụ ekele n'ihi na achọtara m ihe m na-achọ n'uko elu n'uko ala, nime Emeka. E kwuru m nke a n'ihi na ihe m na-achọ n'ime ọlụ ọ bụla m dị na ya bụ ịrụpụta ọlụ, ịdị obi ume-ala, ikwu ezi okwu, inwe uche n'ụzọ ziri ezi, ịchọ ọ dị mma nke onwe onye na nke ndị ọzọ, obi ọma na ịdị uchu. Ihe ndịa nile e nwetasịrị m ha nime Emeka.

Agaghị m ekwusi ihe nile m hụrụ banyere ya n'ihi na adịghị eto dike n'ihu ya. Ekele ka m gị, eze. A sị na ọ bụ nwa-mmadụ hụrụ ihe ọma too ya. Ihe nile ndịa i bunyere m anam ariọ Olisa ka omechisịara ụnụ ebe ha siri pụta mmaji kwuru mmaji. Ya gọzikwaa gị na ndị gị nile mee ka ị na-achị n'egwu ya. Ọchịchị gị na agbụrụ gị bụrụkwa ihe ga-atọ atọ. Ori akụ eze, ekelekwaa m gị otu i siri nwee ike dozisịa ihe ndịa nile otu ụmụ nwanyị ndị ọcha anyị si eme" Mgbe o kwuru nke a, ha chịrị ọchị. Ihere mẹ kwara nwanyị ahụ, o runata isi ya n'ala na nsọpụrụ na-asụmụrị ọchị. Ọ gabakwa n'ihu sị; "Emeka, ekele kwaa m gị. Ọ bụ gị bụ ete e ji eje be nkwụ dị n'etiti mụ na ndị gị. Ihe mụ jiri kele gị bụ na ọ bụghị mmadụ nile na-akọta ihe ọma e meere ha. Ma gịnwa a bịa

n'ala ụnụ tunye m ugo, site n'akụkọ ọma į kọrọ banyere m. E nweghį m ike ikwu ọtụtụ okwu n'akụkụ nke gį ugbu a; kama anụrụ m na a na-ekwu,sį ọ na-abụ e kelee onye omume, obi adį ya mma, o wee mekwa ọzọ. Ndį ọha, na eze, oriakụ na Emeka, e kelee m ụnụ. Anyį ga-ala; a sį na mmiri e mebighį ụbọchį na chi ka hiri nne. Ya dįwanụ. Ụbọchį nta ka abịa chụa n'owere nchi." Ha nile wee duru ha pụa, ha wee laa n'ụlọ Emeka.

Ihe ndį dį n'afere ahụ bụgasį; akwa ọgazi na akwa ọkụkụ, akwụ olu, unere ọcha, ahụekere, okọkpa, egwusi, yabaasį na tomato.

Ha rue n'ụlọ Emeka, ya na nne ya wee bunyekwue ya ọtụtụ ihe onyinye dį iche iche. Nke kachasį n'ime ha nile bụ otu okiri atụrụ buru ibu nke ukwu nke a zụrụ ihe karįrį pam atọ na shini iri. Ha bukọọrọ ihe nile ahụ tinye na moto, kelee ndį nile nọ ebe ahụ. Ha bụkwaara ọgba tum tum Emeka tụnye na moto, ha wee baa na moto kwọpụ, laa Ndọkį. Ka ha lasịrį, akụkọ banyere Emeka na ụdį mmadụ ọ bụ, kọrọ n'ala ahụ ogologo mgbe. Ọ dịghịkwa onye na-echefu ya echefu.

## ISI 9

### EMEKA EBIDOKWA ỌLỤ YA

Ihe ha gbara n'ụzọ tutu ha e rue Ndọkị dị oge awa atọ na ohu miniti na iri. Ihe mere ha jiri rue mgbe ahụ bụ na onye ọcha ahụ na-efe efe n'ịnya moto; n'ihi na ha nọrọ ohu miniti na iri n'ụzọ Abayị Nchọkọrọ, ebe ihe ike mberede moto mere. Ebe ahụ bụ ebe ụzọ gwọrọ oko. Moto na-agba Ọhansọ e dere "Emeghị-ka-e kwere," siri Ọhansọ na-aga Aba. Ya na otu moto ọzọ e dere "Ọ na-efe efe," nke si Aba aga Akwete takọtara isi n'oko ụzọ ahụ. Ihe ahụrụ ebe ahụ adịghị mma ọkụkọ. Mmadụ anọ kwụrụ ọtọ nwụa ebe ahụ. Ọ dịghị nke tụrụ n'ume. Ọbara si ha n'ahụ na-eru dị ka mmiri ide. Ndị merụrụ ahụ karịrị mmadụ iri na isii. Ọ bụ nanị mmadụ asatọ n'ime ndị nọ na moto abụa ahụ bụ ndị ihe ọ bụlạ na-emehịaghị arụ ma ọlị. Mgbe ha ruru ebe ahụ, onye ọcha akwụsị moto ha. Ya na Emeka apụta tinyere ndị ọha gbakọrọ ebe ahụ aka n'ibupụta ndị mmadụ, na inyere ha aka n'itinye ha na moto nke e jiri buru ha gaa ụlọ ọgwụ Aba.

Ha na-eme nke a, ndị Polisi wee si Aba bịa dekọrọ otu ihe ahụ siri mee. Mgbe e bupụsịrị ndị merụrụ arụ gaa Aba, ndị Abayinchọkọrọ kuteere onye ọcha na Emeka mmiri ha wee sachasịa ọbara metụrụ ha ma n'ahụ ma n'uwe ha. Ndị Polisi kelekwara ha, ha wee banyekwa na moto ha laa.

# EMEKA EBIDO KWA ỌLỤ YA

Otu ihu moto ha kwụsịrị n'ihu ụlọ Emeka, ọ pụta, ndị ọlụ ha nile a gbara ọsọ bịa na-etu ya aha, na-akpọ ya 'Chuks! Chuks! Chuks!'. Ọtụtụ makụrụ ya n'ahụ, ndị ọzọ kwere ya n'aka. Ha nile jiri obi ọcha jụa ya otu ndị ụlọ ha mere, kelekwaa ya ị lọla. Ọ bụ ndị ọlụ ha tinyere aka bupụtasịa ihe ya na moto, soro ya kwazisịa ihe n'ime ụlọ ya. Nke a agasịa, ọ gaa kelee ndị enyi ya nile ndị na-amataghị na ọ lọtala na ndị na-enweghị ike ịbịa kelee ya ị lọla. Nlọta ya juru ha afọ dị ka nri, n'ihi na ọ bụ ya na-eme ka obi na-adị ha nile mma site n'ụma ọma ya, na ụka ọchị nke ọ na-akpanyere ha. O nyekwara ọtụtụ n'ime ha ihe ndị o siri n'ụlọ ha weta. O nyere ndị ọlụ ha nile ahụekere na egwusi o wetera n'ụlọ ha. Ha tụrụ ego wee lute mmaị n'abalị ụbọchị ahụ, ha nile wee ñụa wee sị ya, ị lọla. Ogige ha kporo ọkụ nke ukwu n'ụbọchị ahụ.

Chi ya efo, ha nile wee gaa ọlụ ha. Emeka hụrụ na ọtụtụ ịganihu adịla n'ọlụ ha. O wee were obi na ike ọhụrụ tinye n'ọlụ ha, o wee na-aga n'ihu karị.

Otu ụbọchị Satụdeyi, otu nwata nwa-agbọghọ na-akụzi nkuzi bịara n'ụlọ Emeka ile ya. Nwagbọghọ ahụ mara ihe a na-akpọ mma. O ruru ihe eji mmadụ eme n'ogologo. O bughị ibu ukwuu, kama, ọ dị nwa mịgọ mịgọ. Iku anya ya na-ayọchi ya anya dị ka nke enyi. Anya ya dịsị ka nke nwaologbo. Imi ya dị ka ogene. Egbugbere ọnu ya dị fere fere. Ọ dịghị onye hụrụ ya n ụzọ ghara ichigha azụ lekwaa ya anya ugboro abụa. Nwata ahụ wee mebichaa ụmụokorọbịa

nile hụrụ ya isi. He wee na-eso ya ka ijiji na-eso ehi. Mgbe ọ bịara n'ụlọ ya, ọ nara ya nke ọma, kele kwaa ya. Ị bịala otu o kwesịrị dịka nwokorọbịa a zụrụ azụ. Obi dịkwa nwagbọghọ ahụ mma dịka o siri nara ya. Ha a nọọ, nwa ogologo mgbe. Emeka wee sị ya kaara ya onye ọ bụ n'ihi na ya amaghị onye ọ bụ. O wee chịa ọchị sị ya na ọ bụ ezi okwu, na ọ dịbeghị mgbe ha jiri hụkọta onwe ha kọwaa kwanụ onwe ha, mana ha na-ezute n'ụzọ ma ha gawa ọlụ. Mgbe o kwusịrị nke a, ọ kwụlie ọtọ, Emeka akwụlie kwa ọtọ. O wee sị ya na aha ya bụ Nwanne Ụka onye Ndọkị. O kwukwara na ya bụ onyenkuzi n'ụlọ akwụkwọ Ọhankụ Ndọkị; na nna ya bụ otu nime ndị eze Ndọkị, ndị ọnụ ruru n'okwu. Emeka wee sị ya na ya bụ Chukwuemeka Okoro. Ihe ndị mmadụ na-akpọkarị ya bụ Emeka. Aha nna ya bụ Mba Okoro, na ya bụ onye Efulu dị nime Awka Disitriki, na ọ hụlanụ ihe ya na-arụ. Ha wee chịa ọchị ndị ọlụ Gọvụmenti wee kwee onwe ha n'aka nọdụ ala.

Ha kparịrị ụka ogologo mgbe. Ma ụka nile ha na-akpa abụghị ndị bara uru ọbụla ma ọlị. Nke mbụ bụ na Emeka amaghị onye ọ bụ. Ihere na ụjọ ekweghị nke nwanyị akọwa ihe o bu n'uche wee bịa ile ya. Ọnọdụ ha nọrọ ụbọchị ahụ bụ ọnọdụ oboma na ibe ya. Nke a agaghị eme ka anyị ghara ịghọta na Nwanne bụ nkịta-na-egbekpu egbekpu na-ata akwa. Ọ bụ akụkọ na-abịa-nụ ga-akọ onwe ya. O rue n'uhudaa chi, Nwanne wee kele ya laa. Ọ dịghị echiche ọbụla Emeka chere (banyere

nke ọma dọkwaa ya aka na ntị nke ukwu banyere ụmụ nwanyị. Ihe ga-ezi anyị nke a bụ okwu ndụmọdụ nke nna ya gwara ya mgbe ọ na-aga ibanye na kọleeji ahụ o jere.

Ndụmọdụ ahụ bụ nke a, "Emeka nwa m, a maara m na echi ugbu a, i si n'ụlọ m pụa gaba kọleeji. Nke a pụtara na anyị ebidola si n'ahụ anyị; mụ na nne gi, na-akparapụ gị dị ka nwa ọkụkụ nne ya zụpụrụ azụpụ. Nwa m, biko ezigbo nwa m, e chefulakwa ndụmọdụ nile m na-adụ gị site na mgbe I bidoro marawa ihe. Matakwa na ọ bụ gị ga-akpakwa ezi na ụlọ a. Nke ka nke, ọ dịghị onye maara ihe Olisa ga-eji gị mee n'obodo a. N'ihi nke a, nwa m, lezie anya na ndụ gị nile. Jisi ike na-agbaso ezi ihe. Na-ezere ihe ọjọọ n'ụzọ nile. Nna m, nke m na-agaghị agha ichetakwara gị bụ ihe gbasara ụmụnwanyị. Onye ọ bụla na-agbaso ụmụnwanyị na-agbaso ọdịda ya. Onye ihe gbasara ụmụnwanyị arapụtaghị, onye ahụ ga-anọ ọdụ n'ime ụwa nke a. Onye ahụ ga-abụ dike ọ kaa o mee. Onye ahụ ga na-aga ije ya nile, na-ala n'udo. Onye ahụ ga na-enwe nsọpụrụ n'ebe ọ bụla ma n'etiti ụmụnwoke ma n'etiti ụmụnwanyị. Ọkọ ihu agaghị na-akọ ya mgbe ọ bụla. Mara na ihe ụmụnwanyị na-ekwu n'onwe ha bụ na weta weta na-aka mma n'akpa ụmụnwoke. Ha adịghị agbaso onye adịghị achọ ha. Ha adịghị eso onye adịghị enye ha ihe.

Ka m na-ekwu nke a, asịghị m gị ị pụta n'ụzọ gị na ha lụba ọgụ. Ka m jiri nwa mkpi maa atụ, asịghị m ekperima buru nne ya. Onye ọ bụla nwere uche wee na-aga n'ụzọ ga na-enweta ihe ọ chọrọ. Ihe m ji chetakwara gị ihe ndị a abụghị na m amaghị na i nwere

uche **bụrụkwa** ezigbo nwa; kama ọ bụ na mụ amarala arụ ụmụnwanyị mere ụmụnwoke ụfọdụ mgbe anyị nọ ọlụ akpaka na ọlụ Kọmpịnị. Jisi ike nwa m, Olisa ga-eduma gị n'ụzọ gị nile. Echezọkwala, mụ na nne gị."

**N'ime** obi ya, ọ na-ewere onye ọ bụla dị ka mmadụ ibe ya. Otu o si emeso nwata ka o si emeso okenye; ma nwoke ma nwanyị. Ọ dị ihe Nwanne bu n'obi wee bịa n'ụlọ ya. Ọ hụghị ụzọ ọ ga-esi kaara ya ihe ahụ ụbọchị ahụ n'ihi na Emeka eleghị ya anya otu ụmụ-okorọbịa ndị ọzọ na-esi ele ya. Mgbe ọ na-ala, obi adịghị ya mma. Ọ na-aga dị ka mmụọ anataghị ego n'ụzọ. Obi jụrụ ya oyi. O wee na-atamu ntamu n'ụzọ ụla ya. Ndị a bụ ihe ole na ole o kwuru; "Ụnụ ahụla kwanụ! Mmadụ nke a, ọ bụ mmadụ kee? Ọ bụkwanụ ezie na nwoke a dịghị ele ụmụ o nwere anya. Ọ bụghị dị-ịrị nwa Ndọkị. Mgbe m ruru n'uhu anyị, amara m ihe amị na ike ya ga-eme. Ike ya ọ bụghị nwanta efu?"

O rue ụlọ, gaa ahịa Ọhansọ zụta nnukwu azụ-asa buru ibu ọnụ ya bụ najra asatọ. Ọ zụtakwara otu ngwugwu atụ, ọjị asaa, ose ọjị, ncha-akwa, akwa ọkụkọ, iko ose atọ, na otu galawa mmanụ, buru ha butere Emeka n'ụbọchị **Satọdee** mere ụbọchị ọ gara nke mbụ otu izu ụka. Ọ bụ otu nwatakịrị ka o bu-nyere ihe ndị ahụ, o buga ha n'ụlọ Emeka. Ọ gwara nwata ahụ na ya bụ Nwanne Ụka ga-abịa n'uhudaa chị, kaara ya ebe ihe ndị ahụ siri wee bịa, na ihe so

ha n'azụ. Mgbe nwata ahụ gwasịrị Emeka ihe e ziri ya, Emeka enweghị ọnụ okwu. Ọ saa ọnụ, kpuchie sị, "O chi mụ o!, mgbe m hụrụ nụ ya." 4/5

## EMEKA NA NWANNE ỤKA

Nelekere isii nke uhuruchi, Nwanne awụchaa n'ụlọ Emeka. Emeka wee kelee ya. Ha baa n'ime ụlọ nọdụ ala. O kwedịghị ya nọtụrue ala sị ya: "Nwanne biko ihe ndị a i bukọrọ bute be m bụ gịnị?" O wee chịa ọchị sị ya na ọ bụ ya nwesị ha nile, na ha bụ ihe ndị ya jiri sị ka ya kelee ya. Ụsa dị otu a ejughị ya afọ. Ọnụ ọ ga-eji kelee ya ekele adịghị ya. Ọ maghị ihe ọzọ ọ ga-ekwu. Ọ dịghị ya mma n'obi i buru ha n'ihi na ihe ọ zụkọrọ dị ọtụtụ. O lekata anya n'elu sị ya, "Nwanne, bikọ gwanụ m ihe mere i jiri zụkọta ihe ndị a nile. Amaara m na ọ dịbeghị mgbe mụ na gị hụrụ anya mbụ na-abụghị ụbọchị gara aga. Ọ bụ ya ka ị ga-eji bukọsịa ihe ndị a?. Isi-ujiri itolu otu mkpụrụ ego abụghị uru. Amatakwara m na ihe adịghị eme n'efu." Nwanne sịrị ya ya bukọrọ ihe dote na ọ dịghị ihe dị na ya, na ọ bụ onyinye obi ọcha. Ọ rịọrọ ya ka o bubaa ihe nile ndị ahụ n'ụlọ hapụba okwu banyere ha, bịa ka ha kparawa 'ụbụbọ', na ọ bụ nke ka ya mkpa. Emeka ekwere, mee otu ọ gwara ya, werekwa kelee ya ekele otu o nwere ike.

Ha wee bido kparịwa nkata. Ọ dịghị ihe a na-ekwu n'ọnụ nwata ahụ kwufọrọ ụbọchị ahụ. Ọ gbara mbọ otu o nwere ike ime ka Emeka hụtasịa ya nke ọma, wee mata otu ya siri maa mma. Mana obi ya erughị ala ile ya anya n'ụzọ dị otu ahụ. Ọ nọkata kpọọ Emeka. Ọ za ya. Ọ sị ya na ya hụkwaranụ ya n'anya nke ukwu. Ọ sịrị na ihe ya jiri si otu ahụ kwuwe ya bụ na a sị na onye sakpuwe ifi ọ mụkpuwe

nwa; Na ọ dịghị ara ahụ ihe mmadụ abụrụ ihe onye ọzọ. Nke ka nke ọ sị na ịhụnaanya ya abụghị nke ihe ọzọ, na ọ bụ nke na ọ dịghị onye ọzọ ga-alụ ya ma ọ bụghị Emeka.

O bido gụsịsịa ndị nile bịarala okwu ịlụ ya, ya jụ. Ọ bụ ụbọchị ya hụrụ ya mbụ ka ya ñụrịrị ọñụ kelee kwa Olisa, n'ihi na o jiri aka ya kpọtara ya dị ga-alụ ya. Ọ sị na ọ bụrụ na ọ lụghị ya, ya akwụgbue onwe ya.

Emeka wee kue ume kutue. Kwue n'ime obi ya sị na ya ahụbeghị ebe nwanyị ji aka ya asị nwoke biko lụba ya. O wee sị Nwanne na ihe ọ gwara ya tọrọ ya obi ụtọ nke ukwu, n'ihi na ọ mara ya mma nke ukwu, marakwasị akwụkwọ; mana o nwesịrị ọtụtụ ihe ndị ga-eme ka ọ ghara inwe isi. Ụfọdụ n'ime ihe ndị ahụ bụgasị na ala ya dị anya nke ukwu bido na Ndọkị n'ihi ya ndị ọlụ ha abụa adịghị ndị ga-ekwenyere ha. Ya bụ nwa ogbenye, n'ihi nke a ya agaghị alụlite nwa ọgaranya, wee bụrụ nke ịlụ nwa eze Ndọkị. Ala ha bụ ala ọkpọnkụ n'ihi ya ọ gaghị ebilite ebe ahụ ma ha laa n'ụlọ ha. O rubeghị mgbe ya ga-eji lụa nwunye, n'ihi na ya aka enweghị ego, nke ọzọ na onye ọcha ha ekwuela na ya ga-eje kọleeji ukwu ịmụwanye ihe banyere ọlụ ha.

Na ya chọrọ ilụ nwanyị gara kọleeji ma mgbe ya gasịrị kọleeji ahụ, mana ya bụ Nwanne agabeghị kọleeji ọ bụla. O dịkwa ọtụtụ ụsa ndị ọzọ o nyere ya iji wee meghachi ya anya, ndị agaghị abata ebe a.

Nwanne wee tụtụrụ ihe nile ndị a o nyere ya n'ụsa wee kwughasịsịa. Ọ dị ka a ga-asị na ha bụ okwu ụmụnta n'anya ya. O bido kwebe Emeka

nkwa ihe dị iche iche ya ga-emere ya, ma ya bụrụ na o kwere ekwe. Ụfọdụ n'ime ya bụ na ya ga-enye Emeka ọkara ego ọ ga-eji kwụ ụgwọ akụ ya na be nna ya; Na ya ga-eji obi ya nile hụgide ya n'anya rue ọnwụ. Ọ dịghị ihe ọ bụla nwanyị na-emere nwoke ya na-agaghị emere ya. Na ya ga-enye ya ego ụfọdụ ọ ga-eji gaa kọleeji; na ya ga-ejisi ike gaa kọleeji ka ọ ga-abụ mgbe ha abụa pụtara na kọleeji, ha agaa n'ụlọ-ụka otu ihu gbaa akwụkwọ.

O kwusịrị ihe ndị a, Emeka sị ya ọ bụrụ otu ahụ ya bukọrọkwa ihe ya nile, na ya agaghị ekworo ihere enyi loo ụkwara; na ya agaghị ekweta ihe ya agaghị emelite. Nwanne wee dapụ n'ala kwaba akwa, gwọba onwe ya na uwe ya n'aja, na-ekwu okwu na-emede obi. Ọmiko wee mee Emeka. Ọrịọ ya sị ya biko bilie ka ha jiri nwayọọ kpezibe ihe ahụ. Ọ dịghị ka ihe dị a na-ahụghị otu e siri mee ya. O wee gaa kulite ya. Kuru ya n'ụkwụ ya gụgụa ya. Nwanyị ahụ ejiri nwayọọ hichasịa anya mmiri, sị ya na ihe ya ji akwa akwa ahụ bụ n'ihi ịhụnanya ya nwere ebe ọ nọ; ya biko o kwerela.. Mgbe ọ jụrụ ya ajụjụ nke a Emeka chetara ihe nile nna ya na-agwa ya mgbe ọ dị ndụ. Ọ sị ya, ọ dị mma, ya laba ka ya chee ihe ahụ echee. O wee kelee ya laa.

Chukwuemeka ahụbeghị ihe dị otu a mbụ. O lee anya n'elu hihie n'isi, sị na nna ya ha a kọbereghị ya otu a mbụ, na nwanyị nke a abụụrụ ya a sụọ ala akọghị ji. O wee kpọọ otu nime ndị ọlụ ha, zi ya ihe nile ahụ e bukọọrọ ya kakwaara ya ihe nile banyere Nwanne

Nwoke ahụ wee mee ya oduchiegbu. Ọ sị ya, "Dianyị, Emeka, ihe a nile tụrụ m n'anya nke ukwu. Ị maara na ihe ndị a nile zuru ihe pam ise. Ke mgbe m gabara ije gbaba oso, a hụbeghị m ihe ka ọ dị otu a. Ihe ndị a zipụtara oke ịhụnaanya nke nwata a nwere n'ebe ị nọ. Ị na-eche na onye chọrọ irigbu mmadụ ga-eburu ụzọ bunyesịa ya ihe nile une ya na nna ya jiri biri? Enyi m ị nwere isi ọma ukwuu. Ị maara na otu a nna ya bụ onye eze na o nwere ike isi n'ụlọ nna ya bukọtara gị ihe ị ga-eji ghọ mmadụ a naanụ aha ya. Chi gị mụ anya. Ihe ọma dị otu a ọ na-abịara m? E kwekwala ka ihe ọma chị gị naakpanye gị n'ọnụ funahụ gị. Amarala m onye ị bụ. Ị ga-ebido ugbu a gbawara ya ọsọ o wee laa. A hapụkwala ya aka."

Ọ kọọrọ ihe karịrị mmadụ asaa ihe ahụ. Ha nile sara ya dị ka onye mbụ sara ya. Obi ya wee bido gbanwee. O wee cheta ihe nne ya kaara ya mgbe ọ gara ezumike, banyere ịlụ nwunye. O chee nime obi ya sị na ọ dị mma, na ya ga-ekwenye; na ọ bụrụ na ọ pụta ihe ọjọọ, ya a mara na ọ bụ ebe onye dara ada ka chi ya kwadara ya. Ọ laa jiri nwayọọ ribe ihe Nwanne buteere ya. Ọ maghị na Nwanne tinyesịrị ọgwụ na-eme ka ụmụnwoke hụbiga ndị enyi ha nwanyị n'anya oke n'ihe nile ahụ. O wee jide ha nile rısịa. Ọgwụ ahụ wee jiri nwayọọ na-abanye ya n'ahụ.

Mgbe Nwanne na-ala n'ụzọ ụbọchị ahụ obi dị ya ụtọ. Ọ sị n'ime obi ya na a sị na Emeka adịghị ekwe ekwe, na ọ dịghị ele nwanyị ọ bụla anya, na o jesiala ejee,

ọ fọdụ ya ịla ala. Na ya ga-amata ma ọ gaghi anọkata otu ụbọchị were ọnụ o ji eri ji eri ede sutu ya, n'ọbọ-ụkwụ ya ji aga ije.

Ọ dịghị anya ọgwụ ya abata Emeka ahụ. Ọ dịghị ihe ọzọ ọ na-eche na-abụghị ụzọ ya ga-esi hụta Nwanne, wee kara ya na ya ekwenyela na ya ga-alụ ya. O rue n'ụbọchị ụka so ya, Nwanne e bilie sị ka ya gaa lee ma ọnya ya siri n'ụlọ Emeka ma ọ matara anụ. O wee bata n'ụlọ Emeka nye ya ụmụ ihe onyinye ole na ole ọ wetaara ya. O wee baa n'ime ụlọ ya bupụtabara ya ihe dị iche iche ọ ga-eri, ma ihe oriri, ma achịcha na-atọ ụto, ma mmaị Staụtụ bia a gwakọtara ya na tango. Nwanne wee kwapịa ihe ndị ahụ nile. Obi na-atọ ya n'ihi na ọnya ya ji anụ buru ebu. Nke ka njọ bụ na Emeka nyesịara ya ihe ndị ahụ rịọba ya sị ya biko ewe-la iwe na ya enweghị ọjị chara ihu ya ga-enye ya. Ọ gwakwara ya okwu dị iche iche iji wee mee ka ọ mata na ya ekwerela ihe ọ gwara ya n'ụbọchị gara aga. Ha wee ñụrịa, ọ laa. Ọ bụ otu Emeka na ego ya siri ga.

## EMEKA NA NWANNE NA-ERI ỤWA.

Bido n'ụbọchi ahụ gaba n'ihu, ọ dịghị ihe ọzọ Emeka na-eche na-abụghị ihe banyere Nwanne Ụka Ụka nile ọ na-akpara ndị mmadụ bụ naanị otu Nwanne siri wee hụ ya n'anya, na ihe ọma dị iche iche ọ na-asịrị ha na ọ na-emere ya. Ihe ọzọ ọ na-akara



EMEKA NA NWANNE NA-ERI ỤWA.

ha bụ na ya ga-alụ ya, n'ihi na mgbe ya si ezum ike na-alọta na nne ya sị ya, ya jisi ike lụta nwanyị, na Nwanne bụ kwa ụdị mmadụ ga-adị nne ya mma. Ka nwata ahụ siri wee mebika ya isi, o chetakwaghị idere nne ya leta, ọ bụladị iji wee gwa ya na ya ahụla onye ya ga-alụ.

Nwanne Ụka na onwe ya kwanụ, ụbọchị ahụ o si n'ụlọ Emeka na-ala, obi na-atọ ya ụtọ nke ukwu. Ọ dị ya ka a ga-asị na ya e nwetasịala ihe nile ọ ga-eji dị ndụ n'ụwa a. Ihe o ji wee na-añụrị ọñụ ahụ bụ na ọ matala na ya ga-erite ihe buru ibu n'aka Emeka. Bido ụbọchị ahụ, ọ dịghị ụbọchị ọ na-akọ ụkọ n'ụlọ Emeka. Mgbe ọ bụla ọ matara na ha agbasaala ọlụ, ọ wụchaa. Ha na-azụ osikapa, anụ, azụ, anụ na azụ gbam-gbam, akwa-ọkụkụ, na ihe ụtọ dị iche iche, na-esi na-eripịa. Ha na-añụ kwa mmaị nke na-ese okwu, ma mmaị ndị Igbo ma nke ndị ọcha. Ụbọchị dum ha risịa ñụsịa, ha ana-akpọ garamafoonu, na-agba egwu chi ejie. Ọ bụghị naanị ndị a. Ụdị ejiji, ma ọ bụ ekike nile pụtara mgbe ahụ Emeka na-ejisi ike hụ na ya zụụrụ ya ha nile; ma akwa, ma ihe ndị ọzọ. Mgbe dum Nwanne jikwasịa pụta, ọ dị ka di ya ọ na-akpụ ego; mana o nweghị di. Ọnwa ọ bụla gwụ, Emeka na-enye ya pam atọ o ji azụrụ ihe ndị dị ya mkpa. Naanị ihe Nwanne na-emere ya bụ o risịa ihe nile ahụ, ọ gaa rirewe ya aka n'ahụ, na-ebi ya ọma, na-esutu ya ọnụ. Ọ gwụchaa ihe Emeka na-erite. Otu a ka ha na-eme rue mgbe ego nile Emeka nwere jiri wee gwụsịa. O wee bido jibe ndị mmadụ ụgwọ. /4/18

Mgbe ihe ahụ gafere oke, omume Emeka nile wee gbanwee. Aka ọlụ ya gbanwekwara. Ọ dịghị eru kwa

ndị ọlụ ha nso n'ihi na ọ na-eche na ha na-ekwu ihe ọjọọ banyere ya na enyi ya nwanyị. Nke ọzọ bụ kwa na ihere ụgwọ ọ na-eji na-eme ya. Ọ dịghị arụzima kwa ọlụ ya nke ọma n'ihi na ọ na-abụ mgbe ọbụla ọ nọ n'ụlọ ọlụ, ọ na-eche ihe banyere nwanyị ahụ. Na nwa oge nta ihe banyere ya wee butebere ya na ndị ọlụ ha esemokwu.

Na mbụ, ndị ọlụ ha nile hụrụ ya n'anya n'ihi otu o siri bụrụ ezigbo mmadụ, na otu o si wee na-arụ ọlụ nke ukwuu. Ma ugbu a ọ ghọọla nwa oseaka. Ha nile wee mee nzukọ, wee sị na ha ga-aga n'ụlọ ya wee gwa ya okwu, wee mara ma ọ ga-echegharị bụrụ kwa ezi mmadụ. Otu onye n'ime ha wee sị na ha ga-aga ya na mberede, na ọ bụrụ na ọ mata na ha ga-abịa, na ọ ga-ezonahụ ha, n'ihi na ọ dịghị achọ kwa ịhụ ndị mmadụ. Ndị ọzọ nile wee kwere. O rue n'uhuda chi ụbọchị Ụka, ha nile wee sokọrọ bịa n'ụlọ Emeka. Ọ bụ n'izu ahụ ha gara ije ahụ ka Nwanne gwara ya o wee gaa gbaziri mmadụ ohu pam, wee zụta otu redio buru ibu. N'ihi ya mgbe ndị ahụ batara, Emeka na enyi ya nwanyị na-awụgharị n'ụlọ ya, ebe ha na-ete egwu redio. Mgbe ha bataruru n'ime ụlọ ya, Emeka kụjara, gbara ọsọ gaa nọdụ ala n'oche. Nwanne kwụrụ ọtọ na-ekpu ha anya dịka onye e jidere n'ohi. Ha wee nọdụ ala. Otu onye n'ime ha wee sị na kọrọkọtọọ agbaala nụ nne ehi n'ihu; na nke a abụkwaghị nke a sị na a sị.

Ha nọkata Emeka amakwaghị ihe ọ ga-eme. O wee gaa weta ọjị nye ha kelebe ha ụnụ abịala efekeefe. Mgbe ahụ enyi ya a nọdụla ala n'oche. Onye isi ha wee sị ya kwụsị redio nwantị oge. O wee mee otu

ahụ. Onye isi ahụ wee welie ọji ahụ elu gọdo ya sị; 'Olisa lenụ ọji o. Onye wetara ọji wetara ndụ. Ẹbe oseaka 'esila ya erula anyị ahụ. Amakata ihe amakwaghị, biko fekwaa elu elu o. Onye sị na nwa nwanyị ibe ya mutara agaghị abara nne ya uru, biko, ọ mụta nke ya oseaka ya enwela atu. Ibe anyị anyị ga-adị nụo! Onye mmadụ ibe ya pụwara ndụ ya, ya lomikwaa ya n'afọ o o. Ha nile wee kwee ọfọ-o o! Ị ha-a! Ọ waa ọji kesaa ndị ọzọ. Ha taa. Ọ bụ naanị nwanyị ahụ bụ onye na-ekweghị ata ọji ahụ.

Onye isi ahụ wee bilie ọtọ kelee ndị nile nọ ebe ahụ. Ọ sị ha na ọ bụ ezie na ya bụ okenye na onye isi ọlụ ha, mana ya ga-akwụ ọtọ wee gwa Emeka ihe ha jiri wee bịa n'ụlọ ya. Emeka agbanwụa; wee lewe ya anya ebere. O werela obi matạ na ọ bụ ihe banyere enyị ya nwanyị ka ha gaje ịgwa ya. O wee sị ya na okwu ahụ bụ ihe ha gaara agwa ya naanị ya, ma ebe ọ bụ na Nwanne nọ ya, na ọ dị kwu ha obi mma. Ọ sị ya na ihe ha jiri wee bịa bụ na otu o si akpa agwa na otu o si arụ ọlụ abụkwaghị otu o si eme na mbụ. Ha wee melesịa anya sị na ha ga-abịa gwa ya ka o bidokwa mewe otu o si eme na mbụ. Na ihe wutere ha nke ukwu bụ na ọ dighị agazi ọlụ otu o kwesịrị. Nke jọkarịsịrị ha ihe nile bụ ụgwọ ọ na-eji. Na ha matara na ọ bụrụ na ọ gbakọ ụgwọ o ji, na ọ karịrị akpa ego isii. Ha matara na mgbe o jiri gbanwe bụ mgbe o bidoro sị na ya na-akwado ịlụ Nwanne Ụka. Mana ke mgbe ahụ ọ dịbeghị ihe eji alụ nwanyị o mere n'ụlọ nna nwa ahụ nke ga-ezi na ọ bụ ya na-alụ ya. Nke ahụ pụtara na ọ bụghị ọlụlụ ka ọ na-alụ ya, kama ọ bụ enyi ka ha na-eme. O wee sị ya ọ bụrụ na ọ chọrọ ịlụ ya

n'ezie, ya deere ndị ụlọ hā leta ka ha bịa gaa okwu ya bụ nwata, na ọ bụrụ na o mee otu ahụ na ha bụ ndị ọlụ ga-enyere ya aka. Ọ bụrụ kwa na ọ chọghị ịlụ ya, ya jiri nwayọọ hapụ ya, na Nwanne Ụka ga-kwa akwanye ya ike na nsị ọ na-anyụghị.

Ndị ọzọ nile wee bido tinyesịa ọnụ n'okwu ahụ. Ha dụrụ ya ọdụ ogologo mgbe; wee chetara ya otu o si wee na-eme omume ọma na mbụ, na otu o siri nwee ego mgbe ahụ, otu ndị ala ya siri wee tụkwasị ya obi na otu onye-ọcha ha siri hụ ya n'anya na mbụ Ha gba kwaara ya ama na nwabekee na-ejikere ịchụ ya n'ọlụ ma ọ bụrụ na ọ gbanweghị omume ọjọọ ya. Mgbe ha dụsịrị ya ọdụ ahụ nile, o chetara okwu nile naa ya na-ara agwa ya na mgbe nwata ya. O wee sụa ude n'obi ya kelee ha ekele maka ihe ọma ha meere ya. Ha wee laa.

Mana mgbe nile ha na-ekwu okwu, Nwanne nọọrọ na-akwagbu onwe ya n'akwa. Emeka wee kulie ya, gụgụa ya, sị ya na ha ga-abịa ime ihe dị na ya ụbọchị ụka ya na-abịa, ka o wee lata biri n'ụlọ ya wee bụrụ nwunye ya. Nwanne wee kwo giriri laa. Iwe na-ewe ya bụ na ndị ọlụ Emeka ha na-awụnyere ya aja na garri. Ihe ha kwuru banyere enyi ya nwoke ịbịa n'ụlọ nna ya mee o menala, lụwa ya, adịghị ya mma n'obi n'ihi na ọ dịghị mgbe o jiri kwenye n'ime obi ya na ọ bu Emeka ga-alụ ya. Ihe ọ chọrọ bụ iritu ya mee ya ka ọ ghara kwa inwe ike na-aracha mmanụ. Ọ bụrụ na ọ hụrụ ụzọ ọ ga-esi mee ya ka ọ ghara inwe ego ọ ga-eji gbaa moto laa n'ụlọ nna ya, mee kwa ka a chụa ya

n'ọlụ, ọ bụ ya aka atọ ya ụtọ karịa ihe nile. Emeka a bụghị onye mbụ o mere otu ahụ. Nwabekee e jirila n'ihi nwanyị ahụ chụa ihe dịka mmadụ anọ n'ọlụ tutu Emeka a bịa ọlụ ebe ahụ. Ọ bụ ya mere na ndị ọlụ ahụ jiri wee dụa Emeka ọdụ ahụ n'ihu ya na-asọghị anya ọbụla. Mgbe ahụ ọ lara obido chewe ihe ya ga-eme. Emesịa, ọ sị na ọ dịbeghị ihe ya ga-eme ganye na ya ahụ na obi Emeka a gbanweela n'ebe ya nọ. Ọ bụ mgbe ahụ ka ya ga-ezi ya ihe ụmụ mmuọ ji ntị oke eme.

A sị na ofeke a dịghị ama mgbe o fenyere aka n'ọbịa. Mgbe ha nile siri n'ụlọ Emeka laa, ọ gaa dina ala n'akwa ya, chewe otu ya na ụwa ga-esi gaa. Ọ dịghị eche otu ya ga-esi chụlaa enyi ya. Kama ọ na-eche otu ya na enyi ya na ndị ọlụ ha ga-esi mezie bụrụ otu. O wee sị na ya ga-aga kpọrọ ndị ọlụ ha mmadụ abụa, ha esoro ya gaa okwu nwanyị n'ụlọ Ụka. Ọ dịghị ego o nwere ọga-eji lụa nwanyị ahụ. Nchekwube ya bụ na ha kwubie okwu nwanyi ya agbaziri ndị ọlụ ha ego mee; e mesịa ya e jiri nwayọọ kwụghachibe ha.

Onye a na-agbara ama ọ na-añụrị ọñụ ama ahụ, ọ bụrụla ezi okwu ọhụ n'anya? O wee gaa kpọrọ ndị ọlụ ha mmadụ abụa gaa okwu nwanyị n'ụlọ nwanne ha. Nna nwata nwanyị ahụ wee nara ha nke ọma, n'ihi na ya na nne nwata ahụ na-achọsi onye ga-abịa lụrụ ya ike; n'ihi na ọ na-enye ha nsogbu nke ukwu, na-ebutekwara ha nnukwu okwu na 'ụka.' Ma mgbe ha bidoro ikwu okwu, nwanyị ahụ asị ha aka-ekwula ihe ọbụla ka ya chee echiche banyere ya, wee mara ma

ya ga-ebi n'ụlọ Emeka. Ha wee laa. Mgbe ihe dị otu a mere, nwantakịrị echiche we batawa kwa Emeka n'obi. Ma nke a emeghị ka Nwanne ghara ị na-abịa n'ụlọ ya mgbe ụfọdụ. Ihe ọ na-abịa n'ụlọ ya ugbu a bụ nledo.

## NWANNE EZI YA IHE MMỤỌ JI NTI OKE EME

O ruru otu ụbọchị, nwanyị ahụ wee bịa n'ụlọ Emeka. O wee jụa ya ihe o chetara banyere okwu ha bịara n'ụlọ nna ya. Nwanne wee sị ya ya esogbula onwe ya, na ọ bụ n'ime izu ahụ ka ya ga-akara ya ihe ya chetara. Obi Emeka ebido gbawa kpokoro kpokoro. O wee chebe sị na Nwanne ga-eme ya ọ rapụta onye ọ ghara ya. Bido ugbu a ọ dighị enwe ike ịzụta ihe ndị ha na-eji akwari ụwa na mbụ, n'ihi na o nwekwaghị ego, ọ dighịkwanụ onye na-ekwe agbazinyekwa ya ego. Ihe ọjọọ karịsịrị ibe ya dakwasịrị ya n'ime izu ahụ bụ na onye ọcha deere ya akwụkwọ sị na ya akwụsịla ya ọlụ rue ọnwa atọ, n'ihi na ọ makwaghị ihe ọ na-arụ. Nke ọzọ, na ọ bụrụ na ọ nọsịa ọnwa atọ ahụ laghachi ọ rụzikwaghị ọlụ otu ọ na-alụ na mbụ, ya achụa ya n'ọlụ kpam kpam.

Mgbe ọ gụsịrị akwụkwọ ahụ, ọ makwaghị onwe ya. O chee ihe ọ ga-eme n'elu, chee n'ala, ọ dighị ihe o chetara. O wee were akwụkwọ ahụ gaa n'ụlọ onye isi ọlụ ha zi ya. Akwa na anya mmiri bụzi ihe o nwere. Ọ rịọkwara ya ka o soro ya gaa rịọ Nwabekee ka ọ ghara ịchụ ya n'ọlụ nke ọnwa atọ ahụ, n'ihi na nke ahụ mee, na ya ga-anwụ n'agụụ. Onye isi ahụ wee sị ya na ya agaghị eso ya gaa n'ihi na ha kaara ya na ihe dị otu ahụ ga-eme, ma o geghị ha ntị. Ọ sịkwa ya, ya gakwuru enyi ya nwanyị ka o soro ya gaa. Nke ọzọ, ọ bụrụ na ha gasịa ma onye-ọcha ekweghị, ya gaa

ka nwanne zụba ya nri, n'ihi na ihe dị n'enyi bụ onye weta onye weta, ụbọchị ana-aga. Ihe ahụ ekweghị ya edị. O wee kwaa akwa nke ukwu, daa n'ala gbue ikpere wee riọwa ya ka ọ soro ya gaa. Mgbe ọ kwara akwa ahụ, nwoke ahụ wee cheta kwa ụdị mmadụ ọma Emeka bụrị na mbụ. Omiiko wee mee ya. O wee gugua ya; sị ya ya mata na mbụ bụ kpachara anya; nke ọzọ bụrụ ọ bụ kwa ihe m kaara gị akara. O kaara ya na ihe, ọ



Nwanne e zi ya ihe mmụọ ji nti oke eme.

ga-amata bụ na ihe emeghị mmadụ ọ dịghị amata ihe. Ya laa na ya ga-aga n'ụlọ onye ọcha rịọ ya mara ma ọ ga-emere ya ebere, echi ya, ya bịa mara otu ya siri wee gaa. O wee kelee ya laa.

Emeka erue ụlọ ya ọ maghị ihe ọ hụrụ ahụ. Ọ dịkwaghị otu ihe dị n'ụlọ ya fọdụụrụ ya ma ọlị. Ọ bụ mgbe ọ nọ n'ụlọ onye isi ka Nwanne gara na nzuzo kwakọrọsịa ihe nile dị n'ụlọ ya gbalaga. Ndị nile hụrụ ya mgbe ọ na-akwakọrọ ihe ndị ahụ atụpụrụghị ya ọnụ, n'ihi na ha amataghị na Emeka amaghị ihe ọ na-eme. Ha chere na ọ bụ otu o si na-aga n'ụlọ Emeka na mbu. Nwanyị ahụ dere akwụkwọ debere ya n'elu otu oche fọdụrụ n'ụlọ ya tutu ọ gbalaga. Ebe o dere n'akwụkwọ ahụ na ya bukọ ihe ndị ahụ aga bụ Agụama. Akwụkwọ ahụ o deere ya bụ mkparị dị ukwuu. Ihe o jiri dẹta ya bụ ka Emeka wee were ihe ndị dị n'ụlọ tufue site n'ịchọ ndị dị n'ama. Nke a bụ ezi okwu n'ihi na ọ bụghị ebe o dere n'akwụkwọ ka ọ gara. Leta ahụ o dere ya bụ nke a;

"Ụlọ Ikpere Mmiri 2.
Ndokị
20/9/53.

Ezigbo Emeka, Nwaọhụhụ,

Nke a bụ iji wee gwa gị, na ke mgbe m jiri gaba ije, gbaba ọsọ, ọ dịbeghị onye nzuzu m hụrụla dị ka gị. Olee ihe i jiri lesịa m anya sị na gị ga-alụ m? Nke a ziri m na egwu onye karịrị gị adịghị atụ gị. Biko gaa chọrọ ndị nzuzu, na ndị ogbenye ibe gị lụba. Ọ bụrụ

ma mụ; anya gị erughị ebe m nọ, ma ya bụrụ aka gị.

Ihe gị nile m bukọọrọ bụ iji wee mechapụ onwe m ihere maka mkparị ị kparịrị m. Ọ bụrụ na ọ dịghị gị mma n'obi, I nwere ike chọrọ m bịa n'Aguama ọ bụ ebe m gara. Ọ bụrụ na Ị ga-a ịa jikere ejikere n'ihi na a sị na onye na-achọ ihe, ihe ana-achọ ya.

Nwanne Ụka."

Emeka agụsịa akwụkwọ nke a, ike gwụ ya. Ọ sụa ike n'ala. Ume fepụ ya. Ọ dịkwaghị ya nke ịkwa akwa, n'ihi na ihe ndị furu n'ụlọ ya dị ọtụtụ. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a; redio, gramafonu, igbe anọ, na ihe ndị dị ha n'ime; ụdị afere na ngaji dị iche iche, akwa na ọtụtụ ihe ndị ọzọgasị.

Ọ nọrọ ihe karịrị otu awa n'ebe ahụ ọ sụrụ ike n'ala tutu ọ matakwa onwe ya, wee tie mkpu. Ndị mmadụ wee gbakọta wee hụ eshishi shiri n'ụlọ ya. O wee wute ha nke ukwu. Ha wee tiere ya aka n'obi. Ha sorokwaara ya gaa ebe dị iche iche ga-chọọ Nwanne. Ha gakwara Aguama dị ka o deere Emeka n'akwụkwọ. Ọ dịghị ebe ha nụrụ nkụ ya, nke ha na-ahụ ya anya. Ọ bụ otu a, ka Nwanne siri wee zii Emeka ihe ọkụ ji ntị oke eme.

Mgbe ha chọsịrị ya, ma ọ dịghị ebe ha nụrụ nkụ ya, Emeka alaa n'ụlọ nọdụ n'obi dị arọ. Nke mere ya a na-anya ọkụ n'ihu, oyi ana-atụ n'azụ, bụ na mgbe ọ nọrọ nwantị oge, onye isi ọlụ batara n'ụlọ ya wee kara ya na ya agaala n'ụlọ nwabekee, rịọ ya arịrịọ otu ya kwere ya nkwa, mana ọ jụrụ ajụ. Ọ sịrị, ya na ebere ọ bụla adịghị ya. Na ihe ya kwuru, ya e kwuela ya, na mgbanwe ọ bụla adịghị ya.

## ONYE ỌMA EMEKA

Akụkọ nke a mere ka ụwa gba Emeka gharịị. Ndụ ọ dị adịghị atọkwa ya ụtọ. Ihe na-agụ ya bụ ka chi ya were ya, Ịkwa akwa adịghịkwa ya mma. Ịgba nkịtị adịkwaghị ya mma. Ma, o jisiri ike kara onye isi ha ihe enyi ya nwanyị mere ya. Nwoke ahụ wee kasie ya obi otu o nwere ike, wee laa.

Ugbu a, Emeka Okoro adaruela ala. Onye kwada kwaranụ ya bụ Nwanne Ụka. Ọ dịghị ihe ọbụla o nwere n'ụlọ ya ọbụla nri ọnụ. Naanị ihe ọ ga-eji nweta ego dị n'ụlọ ya bụ ọgbatumtum ya, trauza atọ. Uwe agbada abụa, akpụkpọ ụkwụ abụa, na otu ite-igwe-galọnụ ise. A chọsịa ebe a ga-ebido aka ma ahụghị a gawa n'ikpere, Emeka ewee bido resịsịa ihe ndị a nile were ego ha na-azụrụ ihe oriri. Mgbe ahụ nwoke ewere ire gụba eze ya ọnụ. O wee chetakwa ndụmọdụ nile nna ya na ndị ọzọ nyegasịrị ya. O wee kwaa akwa n'obi ya, wee kwere na ya emeela ihe nzuzu. Ọ bakwara n'ime ụlọ ya gbachibido onwe ya ụzọ ihe karịrị ụbọchị asaa. Ụfọdụ mmadụ enweghị ike ịkọ ebe ọ nọ. Ụfọdụ chere na ihe ndị ahụ nile mere ya emeela ka ụbụrụ ya mebie. Ma ọ bụghị otu ahụ. Ọ nọrị n'ime ụlọ ya na-akwara ụwa ya.

Otu ụbọchị, onye isi ọlụ ha bịara ịmara otu ya na ihe ụwa si aga, wee hu na a gbachiri ụzọ ya agbachi

Anya mmiri wee pụa ya n'anya. Ya na Emeka ewee kwaa akwa ogologo oge. O wee sị Emeka ya nwee ndidi, na ọ bụ otu ihe na-adịrị nwoke, na chinchi sịrị ụmụ ya ha nwee ndidi, na ihe dị ọkụ ga-emesịa jụa oyi. Emeka wee kaara ya na ihe kasị ya njọ bụ na ya enwekwaghị ihe ya na-eri. Nwoke ahụ wee laa, gaa n'ụlọ onye ọcha, kaara ya otu ọnọdụ Emeka dị. Onye ọcha ahụ wee soro ya gaa lee otu ọ dị. Mgbe ọ hụrụ ha, o wee kwaa akwa nke ukwu. Ebere wee mee onye ọcha ahụ n'obi nke ukwu. O wee soro onye isi ọlụ ya gụgụa ya.

Otu ebere siri wee meka ya n'obi, ọ sịrị ya akwakwala akwa, na ihe nile ga-adịsị mma. O wee gwa kwa ya sị ya bido kwa n'echi ya bịaba ọlụ. O wee tinye aka n'akpa uwe ya were pam atọ nye ya ka o were na-azụrụ ihe ọ ga na-eri. Emeka wee kelee ya, kpọọrọ ya isi ala. Emeka kwere ha nkwa na ọ bụrụ na Olisa enyere ya aka na ya agaghị ekwe ka ihe dị otu ahụ mere ya mekwaa ya ọzọ. Ha wee laa.

O were ego ahụ zụrụ uwe ọ ga-eji na-aga ọlụ, zụrụkwa ihe oriri ọ ga na-eri. O rue echi ya, o wee bido kwa ọlụ ya. Obi tọkwara ndị mmadụ ụtọ mgbe ha hụrụ na o bidokwala ọlụ. Mgbe ọnwa ole na ole na-agaala Emeka enweta kwa ego, bido dịwakwara onwe ya ndụ ọma dị ka ọ na-eme na mbụ. Mgbe nile, ihe ọ na-ekpe n'ekpere bụ ka chi ya meere ya ka ya zute Nwanne n'ụzọ otu ụbọchị ka ya gbaa ya anya n'ihu, zi ya na ọ bụ nwoke ka o ridaruru n'ala. Onye

ọbụla ọ hụrụ n'ụzọ ọ na-ajụ ya ma o nwere otu o siri nụta akụkọ ebe nwanyị ahụ nọ. Mana ọ dịghị onye ọbụla matara ebe ọ nọ.

ISI 13

## AKỤKỌ NWANNE ABỊARUE

Ọ bụ ụbọchị o mere ọnwa isii Nwanne jiri wee bukọrọsịa ihe Emeka nile ka Emeka nụrụ akụkọ ya ọzọ. Ọ bụghị naanị na ọ nụrụ akụkọ banyere ya kama ọ hụrụ ya anya. Mana ụdị ọ hụrụ ya na ya abụghị ihe mmadụ ji ọnụ akọ. Otu o sina dị, akụkọ ahụ bụ nke a. O ruru otu ụbọchị, Emeka si n'ụlọ ọlụ ha na-ala ọlụ. O wee pụta na nnukwu ụzọ ha sị aga, wee hụ ụmụnwanyị gaje ahịa ka ha na-eti mkpu, na-akpọ kwa isi kwụ kwụ kwụ. O wee rịtue n'elu igwe ya, wee jụa ha ihe mere ha na-eti mkpu otu ahụ. Ha wee sị ya na ọ bụghị ihe ha ga-eji ọnụ ha kọ, ya gbaa ọsọ gaa n'ihu, na ọ ga-eji anya ya hụ ihe mere.

O wee rịkwasara n'elu igwe ya, gbasie ike gaa n'ihu. O rute n'ọtu ebe a sụchara asụcha dịka nnukwu ahịa, wee hụ ọtụtụ mmadụ nọ n'ebe ahụ na-eti mkpu. Ụfọdụ na-akwa akwa, ụfọdụ na-akọ akụkọ ihe ahụ mere nụ. O letịpụ kwue anya n'ihu hụ ebe ndị mmadụ gbara otu nnukwu moto bu ọmụ nkwụ buruburu. Ọ rịtue kwa n'igwe jụa ndị ahụ na-akọ akụkọ ihe mere ebe ahụ. Ọ bụ ihe onye na-eme na-ewe ya. Ọ bụ n'ụzọ mmadụ na-esi na ya gaa laa, ka ọ na-abụ o si na ya gaa ọtu ụbọchị a kpaa ya. Ndị ahụ kaara Emeka na moto ahụ ọ hụrụ n'ihu ndị mmadụ gbara buruburu bu ozu mmadụ abụa, otu nwoke na otu nwanyị. Na a sị na nwanyị ahụ siri n'ụlọ enyi ya nwoke kwakọrọ ihe nile nwoke ahụ nwere gbapụ laa mba dị anya. Mgbe ọ nọzi n'ebe ahụ o wee hụta nwoke nọ na nnukwu ọlụ Gọvụmenti, wee nakuru ya, ha abụa biri. O wee riwe ihe nwoke ahụ na-achọ ka o ritue ya

dị ka o mere onye mbụ. O wee rue otu ụbọchị nwoke ahụ wee gaa ọlụ. Nwa-agbọghọ ahụ wee zuru ego nile nwoke ahụ dotere nime akpa ya dị n'ụlọ, wee tinye nime igbe ya na-akwado igba ọsọ buru ego ahụ laa. Ọ bụ uwe ọ ga-eji gba ọsọ ahụ ka ọ na-eyiri, nwoke ahụ wee lọta, wee jụa ya ebe ọ na-aga. Ọsị ya na ọ dịghị. Ụjọ nakwa atụ ya n'ihi ihe o mere. Nwoke ahụ wee hụ otu ahụ na-ama ya jijiji, wee mata na o nwere ihe ọjọọ o mere.

Otu ihu, obi agba ya, n'ego ahụ o tinyere n'akpa ya. Ọ gbara ọsọ ga lee ya, ma ọ dịghị ego ọ hụrụ na ya. O wee chọba ego ahụ. Mgbe ọ jụrụ nwanyị ahụ maka ego ahụ, ọ sị na ọ dịghị ego ya hụrụ. Nwoke ahụ kwusie okwu ike, ọ kwaba akwa sị na ya ga-ala mgbe ahụ, na enyi ya nwoke ahụ boro ya oshi ego. Ego ahụ buru ibu nke ukwu. Ọ dị otu akpa ego na ohu pam abụa na ise. N'ihi ya, nwoke ahụ añaghị ya ntị n'akwa ọ na-akwa. Ka o si wee ka njọ bụ na ego ahụ bụ ego ndị ụlọ ọlụ nke ha nyere nwoke ahụ ka o tinye na Banki. N'ihi ya nwoke ahụ chọrọ ego ahụ ebe dum. O wee hụ igbe nwanyị ahụ bupụtara ọ ga-eji laa n'iwe, n'ihi na e boro ya oshi; wee sị ya ya weta ya ka ya lee ihe dịgasị ya nime. Nwanyị ahụ wee jụ. Mgbe ahụ o wee nara ya igbe ahụ n'ike, meghe ya, wee hụ ego ahụ nime ya. Iwe wee ya nke ukwuu. O wee buru ya na moto ya sị ka ya bugara ya ndị Polisi, wee gwa ha na ọ bụ onye oshi.

O wee nyara moto ahụ n'ike pụa n'ihi na iwe dị ya n'obi nke ukwu. Mgbe ọ pụtara ebe ụzọ gwọrọ oko, o nwekwaghị ike ịnyazi moto ahụ. O wee buru ha gbabaa ọhịa, kpọrie onwe ya n'otu nnukwu ukwu

osisi dị ebe ahụ. Mgbe ndị mmadụ na-agbakọtala ebe ahụ, nwoke ahụ na enyi ya nwanyị anwụsịalarị. Ha wee sị ya na ọ bụ ozu mmadụ abua ndị ahụ ka e bu nime moto ahụ ndị mmadụ gara buruburu.

Emeka ewee jụa ha aha ndị ahụ. Ha sị ya na ha amaghị. O wee gbara igwe ya rue ebe ahụ. O lee anya, hụ ozu nwoke ahụ, ma ọ maghị ozu onye ọ bụ. O wee gaa lee ozu nke nwanyị. Ahụ wee maa ya jijiji n'ihi na ọ matara ozu onye ọ bụ. Ọ bụ ozu Nwanne Ụka. Emeka ewee hụ onye ọ na-ejikere ịbọ ọbọ n'ozu. Ọ dịkwaghị ọbọ ọ bọrọ ya. Ihe dị n'iri-gbu ụmụnwoke wee gbue Nwanne. Ihe Emeka gwara ozu ya bụ nke a; "Olisa nara gị dịka omume gị sii dị." O wee fe igwe ya ụkwụ n'elu, laa.

## EMEKA AGAA ALA BEKEE

Ọnwụ Nwanne wepụsịịrị Emeka echichi ịla azụ nile dị ya n'obi. Mgbe ihe ọjọọ nile dakwasịsịrị ya, ọ na-eche otu ya ga-esi mee wee bọọ Nwanne ọbọ ihe nile o mere ya. Ma ụgbụ a, onye ọ na-akwadebere ngwa ọgụ alaala mmọọ. O wee kwara ngwa ọgụ ya ghanye



EZE ỌSỤDO BỤ EZE EFULU

n'ọhịa; wepụ kwa echiche banyere ya nime obi ya, wee were echiche ya nile tinye kwa n'ọlụ ya dịka ọ na-eme na mbụ. Ma n'ezi okwu ọ dịghị añụrị ọñụ n'ihi ọnwụ nwanyị ahụ, n'ihi na ụdị ọnwụ ya bụ nke na-ewuta mmadụ nile. Nke ọzọ, a sị na a dịghị ero-iro n'ọnwụ. Onye lesịa anya ọ hụ na ọnọdụ ha abụa abụghị nke Emeka ga-eji gosi echiche ya n'ebe ọnwụ ya dị. Isi ihe dị n'ime ya bụ na o wepụụrụ ya obi nchekasị.

N'oge na-adịghị anya, Emeka malitere rụwa kwa ọrụ otu ọ na-eme na mbụ ndị mmadụ wee malite hụba kwa ya n'anya dịka na mbụ. Nke ka ukwu, Nwa-bekee were kwaara ya ọzọ dịka nwa ya. N'oge na-adịghị anya, o zigara ya Ala Bekee ịme oke ọmụmụ ihe dị elu. Tutu ọ gaa Ala Bekee, o buuru ụzọ rue ụlọ ha wee kaara ndị ụlọ ha otu o si aga. Ọ kọkwaara nne ya banyere ije ya na Nwanne.

Ezeọsụdo kpọkọrọ ndị obodo ya dum wee kaara ha na Emeka na-ejikere ịga Ala Bekee ịmụ ihe. Na ọ bụ ezie na ọ bụ nwa Bekee na-eziga ya, ma o kwesiri ka ha tụkọta nwa ego nta nye ya wee sị ya gaa nke ọma. Ha nile kwenyere n'ihe o kwuru. Ha nile wee tụkọta akpa ego ato, bunye Emeka wee sị ya gaa nke ọma, na Olisa na ụmụ mmụọ nile dị be ha ga-eduru ya gaa, dulata kwa ya n'udo. Ha gọzi kwara ya n'ụzọ dị iche iche. O wee kelee ha nke ọma, kwe kwa ha nkwa na ya ga-ejisi ike nweta ihe ya kwo aga, na ya ga-ejisi kwa ike ime ezi ihe ebe ahụ, nke ga-ezipụta na ya si n'ezigbo obodo pụta. O kele kwara eze ha ekele dị iche, n'ihi na ọ bụ ya mere ihe ha jiri wee nye ya ego ahụ. Mgbe o kelesịrị mmadụ nile na ikwu-na ibe ya, o wee laghachi Ndọkị.


## EMEKA AGAA ALA BEKEE

Ọ bụ ebe ahụ ka o siri gaa ala Bekee. Ihe gaara ya nke ọma ebe ahụ. Ihe nile na-akpasasị mmadụ obi n'ala Bekee adịghị nke metara ya ihe. Nwa-Bekee zigara ya, na-enye ya ego zuuru ya nke ọma. Ihe Nwanne mere ya na ihe ndị ọzọ mere ya na Ndọkị ezila ya uche. N'ihi ya o zuela oke n'ihe nwoke ji uche eme. Ọ dịghị erisi ego a na-ezigara ya ebe ahụ. Ọ na-etinye ụfọdụ na bankị. Ọ nọrọ ebe ahụ afọ anọ wee nwee nzere ukwu abụa a na-akpọ 'B.A.' na 'M.A.' Mgbe oge ruru maka ya ịlọta na Nigeria, o deere ndị be ha akwụkwọ. Ha wee ṅụrịa, wee tụkọọ ego, wee jikere otu ha ga-esi gaa Enugu ebe ụgbọ elu ha ga-ada wee zute ya, wee duru ya lọọ n'ụlọ ha meere ya emume ịsị ya ị lọla.

Ụbọchị Emeka siri ala Bekee lọọ bụ oke ụbọchị. Ndị Efulu desaara mba nile dị ha buruburu akwụkwọ ka ha bịa soro ha zute nwa ha, soro kwa ha meere ya emume ịsị ya ị lọla. Ndị mmadụ jupụtara n'ezi na ụzọ ụbọchị ahụ. Ndị ọbụla jiri egwu ha pụta. Ebe nile na-akpọtụ. E sikwara oriri dị ukwu n'ụlọ nna ya, ebe ha nọrọ mee emume ahụ. Ụfọdụ gara zute ya n'Enugu si ebe ahụ duru ya lọ. Mgbe ha lọruru ụlọ nna ya, ha bido gbawa egbe mkpọ nala na kurutu. Ndị egwu dị iche iche jupụta n'ezi ha. Mmadụ bịara ebe ahụ dị ka aja dị n'ala. Ọṅụ juru nne ya afọ ụbọchị ahụ. Ụzụ dị akwu tụrụ mgbe Ezeọsụdo jiri ọṅụ pụta na-ete egwu, na-egbu kwa ọdụ ọzọ ya, n'ihi na onye ala ya agaala ala Bekee lọọ. Ọtụtụ ndị mmadụ nye kwara ya ego na ihe ndị ọzọ dị iche iche iji wee jaa ya egwu.

## ONYE ỌMA EMEKA

Mgbe ha mesịrị ihe egwumegwu dị iche iche, ndị Efulu gụụrụ Emeka akwụkwọ ekele, nye kwa ya ọtụtụ onyinye dị iche iche wee kelee ya ị lọla. Na nwantakịrị okwu Emeka kwuru, o kelere ndị nile bịara ebe ahụ, kele kwa ndị Efulu n'ugwu nile ha kwanyeere ya, kelee kwa Ezeọsụdo, nke ka ukwu, o kelekwara onye ọcha ahụ nke mere ka ọ gaa mụta oke mmụta ahụ. O kwe kwara ha nile nkwa na ya ga-ejisi ike site n'inye aka Olisa mee ka mmụta ya bara ya na mmadụ nile uru. Ọ bụ Emeka bụ onye Efulu mbụ gara ala Bekee nwe 'B. A.' na 'M. A.'



ISI 15

## EMEKA ABỤRỤ MINISTA

Emeka zuru ike izu ụka abụa ka ọ lọtasịrị ala Bekee wee lakuru onye ọcha zụrụ ya, wee bido kwa ọlụ n'aka ya. Mgbe o bidoro ọlụ, ọ bụ ya ka e mere onye isi ọlụ na-eso onye ọcha. Ọ bụ naanị nwa ihe nta ka ọkwa onye ọcha ahụ jiri kara nke ya. Ụgwọ a na-akwụ ya n'ọlụ ahụ abụghị ihe e ji ọnụ ekwu. Pleshọ o ji aga ọlụ mara mma, kara nke onye ọ bụla bi n'akụkụ Aba mgbe ahụ. Mgbe ọ bụla pleshọ ya gafere, ndị mmadụ ana-akpọ mpku n'ụzọ na-efufere ya aka, na-asị "E e! Aba a! E e! Aba!" Nezie ọ dịghị



EMEKA MINISTA NA PLESHỌ YA

ụzọ ọzọ a ga-esi kọọ maka otu ọnọdụ ya dị, na-abụghị isi na chi ya tụliri ya elu nke ukwu.

N'ime ọkwa ukwu nke a Emeka nọọ, emeghị ka o chefue na ọ bụrụ (na-esikwụkọọ ala ndị ya dum, na Ala Bekee, na ala ya dum ka nọọ n'ọchịchịrịị; n'ihi enweghị ndị maara oke akwụkwọ. N'ihi ya, mgbe o nwetara ego buru ibu, wee tinyere nke o tinyere na Bankị n'Ala Bekee, ọ gaa n'ụlọ ha, were ego ahụ zipụ ụmụokorọbịa anọ ka ha gaa mụa oke-ọmụmụ na nnukwu ụlọ akwụkwọ a na-akpọ Yunivasitii. Ọ bụ naanị ya zụrụ ndị ahụ. O mesịa nke a, ndị ala ya dum wee hụ ya n'anya karịsịa. Ha chikwara ya echichi ukwu dị n'ala ha. Aha echichi ha nyere ya bụ "Ezeabụrụ-kwe dị ọha mma".

Ọ na-abụ mgbe ihe ọma ga-abịara mmadụ ọ na-ezo ka mmiri. Nke Emeka bụrụ mmiri ide, o kweghị mgbokwata. Ọ bụ n'afọ abụa ọ lọtara ka e mere nrọpụta ndị ga-aga n'ụlọ nzukọ na-eme iwu nke na-achị obodo nile. Emeka nọ n'ọlụ; ndị be ha e mee nzukọ, deere ya akwụkwọ sị ya lọta, na ha e wepụ-tala ya ịgaa nọchie anya ha n'ụlọ-nzukọ ahụ.

O wee lọta. Ọ dịghị onye ya na ya zọrọ oche nke ndị be ha. Ha nile kwadoro na ọ bu ya bụ onye ga-agara ha nzukọ ahụ. Ọ dịghị ego ọ bụla ọ tụfuru maka ịzọ oche ahụ. Ọ dịghị kwanụ ije abalị ma ọ bụ ime aka n'aka o mere n'ihi ya. Ọ giga ọ gara n'ụlọ nzukọ ahụ mere ka ndị Gọvụmenti rụara ndị obodo ya ọtụtụ ihe dị iche iche, wee tinyere ndị o

mere ka ndị be ha jiri aka ha rụara onwe ha. Ọ dịghị anya obodo ya e mepee nke ukwu bụrụ obodo buru ibu makwaa mma. Iji wee mechite ihe dum; n'ime ụlọ nzukọ ahụ e mere Emeka Minisita nke na-ahụ maka ọdị mma ndị obodo na obi ụtọ mmadụ nile. Emeka bụ nwoke n'ụtụtụ.

Ọ GWỤ.

## ONYE ỌMA EMEKA

### ISI 1

(1) Olee ọlụ abụa Okoro Mba rụrụ mgbe ọ dị n'okorobịa, tutu ọ nọtue rụba ọlụ ugbo?

(2) De aha ihe anọ o wetara n'ụzọ ebe abụa ahụ na otu ihe ọ mụtara.

(3) Olee ihe mere Okoro jiri laa n'ụlọ ya?

(4) Olee ihe obi ụtọ Okoro nwere n'ebe nwa ya bụ Emeka nọ?

### ISI 2

(1) Olee otu Okoro siri lee ma Emeka o ruela ịga ụlọ akwụkwọ?

(2) Olee ihe ndị ụmụnna ya mere mgbe ha nụrụ na ọ na-ejikere izipụ nwa ya ụlọ akwụkwọ?

(3) Egwu gịnị na-atụ nna ochie Emeka ọ na-ejighi kwenye n'ịga ụlọ akwụkwọ Emeka?

(4) Olee ihe mere na Okoro egeghị ndị mmadụ ntị banyere ịga ụlọ akwụkwọ nwa ya?

(5) Olee otu ihe ndị a dum dị Emeka n'obi ya?

### ISI 3

(1) Olee ihe atọ ị gụtara n'isi atọ a ziri gị na Emeka tara ahụhụ nke ukwu mgbe ọ na-aga akwụkwọ.

(2) Olee ihe onyenkuzi ndị leeti jiri pịajie Emeka mkpịsị aka? Onye bu isi ihe ahụ nile? Olee otu o siri bụrụ onye ahụ?

(3) Gịnị pụtara na nkọcha na ụzụ ọchị nile Emeka natara? Olee ihe atọ mere ndị ọzọ ji wee na asọpụrụ ya?

(4) Olee otu ihe ziri na Emeka bụ onye omiiko?

ISI 4

(1) "Emeka Okoro bụ nwa Chi-na emere". Olee ihe ziri nke a n'isi anọ?

(2) Olee ihe Ụmụnna Okoro jiri were onu ike agwa Emeka okwu mgbe ha nọ n'azụ ụlọ?

(3) Olee otu i chere na ọkwụkwa Okoro siri kpo ọkụ?

(4) Olee ihe ọnwụ nna Emeka napụrụ ya n ime kọleeji?

ISI 5

(1) Bido n'ụlọ Emeka gaa ebe ọ nwere ọlụ, ọ dị maịlị ole? Olee aha ebe ahụ?

(2) Olee otu ihe a maghị asụsụ Ndọkị mere Emeka n'akụkọ a?

(3) Dee ihe ziri na Emeka nwere ihu ọma n'ọlụ ya.

(4) Gụgharịa nkebi ikpe azụ. Degharịa ya n'okwu aka gị.

ISI 6

(1) Ọ bụ afọ ole ka Emeka rụrụ ọlụ tutu ọ gaa ezu-mike mbụ ya?

(2) Ọlee otu o siri bula ihe ya mgbe ahụ?

(3) Depụta ụzọ ihe abụa Emeka mepụtara na mgbe ezu m ike ya.

(4) Olee isi ihe bụ na "Onye ije na-akara onye isi awọ ihe amata.? Nke a o mere n'ebe Emeka na ndị ya nọ?

(5) Gini bụ ọlụ onye ọkwa-enine?

## ONYE ỌMA EMEKA

### ISI 7

(1) Olee aha onye eze Efulu?
(2) Olee uru nzukọ Emeka na eze ha na ndị okenye abụa mere bara?
(3) Ọ dị ihe mmede obi abụa umụokorọbịa nwere ụbọchị ndị ha rụrụ ọrụ ụzọ? Depụta ha.
(4) Dee ihe Ị gụtara banyere mmepe ụzọ ndị Efulu.
(5) Dee ihe ichere onye na-ahụbeghị ụzọ asaa a rụrụ n'Efulu ga-ekwu mgbe ọ hụrụ ha. (ohu ọgbara na iri).

### ISI 8

(1) Ihe nile Emeka mere na mgbe ezumike ya tọrọ nne ya obi ụtọ nke ukwu; ma ọ dị ihe fọdụrụ ka obi wee rue ya ala. Olee ihe ọ bụ?
(2) Kwue ihe nile Ezeọsụdọ na ndị be ya nyere Nwabekee ụbọchị ọ ọbịara iburu Emeka.
(3) Degharịa okwu ekele onye ọcha kwuru n'ụlọ Ezeọsụdọ n'okwu nke aka gị.
(4) Olee ihe kachasị n'ihe nile Emeka na nne ya nyere onye ọcha? Gịnị bụ Okiri atụrụ?

### ISI 9

(1) Olee ihe mere n'ụzọ Abayi - Nchọkọrọ mgbe Emeka ha na-ala Ndọkị?
(2) Onye ọcha na Emeka ziri na ha maara ihe nwekwa obi ebere mgbe ha ruru ebe ahụ. Dee otu o siri bụrụ ezi okwu.
(3) Olee ihe e dekwasịrị moto abụa ahụ uke kwudoro n'ụzọ? Kọwaa isi aha abụa ahụ.
(4) Olee ihe ndị ọlụ Emeka ha mere ziri na obi dị ha ụtọ mgbe Emeka laghachịrị n'ọlụ, ka ọ ga sịrị ezumike ya?
(5) Onye bụ Nwanne Ụka?
(6) Gịnị ka o mere ka ya na Emeka wee dị na a mm?

## ISI 10

(1) Olee ihe Nwanne bu n'obi wee butere Emeka ihe onyinye?
(2) Olee ihe o tinyere n'ime ihe oriri nile o buteere Emeka? Ihe ahụ ọ dị ire ?
(3) Olee isi ihe bụ; "Isi ugiri itoolu mkpụrụ ego abụghị uru"?
(4) Mgbe Emeka e kweghị ịlụ Nwanne, olee ihe o mere ?
(5) Ụbọchị Nwanne bịara n'ụlọ Emeka ọzọ, olee ihe ọ chọpụtara? Olee otu ọ dị ya n'obi?

## ISI 11

(1) Olee ihe e jiri mata na ọgwụ Nwanne tinyere n'ihe oriri abatala Emeka n'ahụ?
(2) Gịnị bụ ụsa ọ na-enye iji gosi na ya ga-alụ enyi ya nwanyị?
(3) Olee ihe mere obi ji wee na-atọ Nwanne ụtọ ka aga-asi na o nwetasịala ihe di ya mkpa na ndụ ya?
(4) Bido ụbọchị ahụ ha na-eri na-akwari ihe Emeka kpatara, olee otu ha si eme nke a?
(5) Olee otu omume Emeka siri gbanwe mgbe ihe ahụ fere oke?
(6) Gụgharịa ihe onye isi ọlụ kwuru mgbe ọ na-agodo ọji. Kọwaa ya n'asụsụ mara mma.
(7) Olee ihe mere na onye isi asọghị anya n'ikwu okwu megide Nwanne?

## ISI 12

(1) Olee ihe obi Emeka jiri wee gbaba kpokoro kpokoro?
(2) Kọwaa ilu a bụ "Ọ rapụta onye ọ ghara ya."
(3) Olee ihe mere e jiri sị Emeka ya abịakwala ọrụ, ọnwa atọ?
(4) Gịnị ka ọ rịọrọ onye isi ka o soro ya mee? Olee ihe ọ sara?
(5) "Emeka erue ụlọ ya ọ maghị ihe ọ hụrụ ahụ" Olee ihe mere?
(6) Olee ihe ị ghọtara na leta ahụ Nwanne dere ya?

## ISI 13

(1) Olee mgbe Emeka jiri wee nụta kwa akụkọ Nwanne ọzọ ?

(2) "Ọ bụ ihe onye na-eme na-ewe ya". Olee otu nke a siri mezue n'akụkọ nke a ?

(3) Onye nwe ego Nwanne zutere n'ụlọ nnukwu mmadụ ahụ ?

(4) Olee otu o siri chee na ọ bụ ya ji ego ahu ?

(5) Kọọ akụkọ otu Nwanne na enyi ya siri nwụa ọnwụ ike.

(6) Gịnị ka Emeka kwuru mgbe ọ matara ozu Nwanne?

## ISI 14

(1) Olee otu ọnwa Nwanne siri wepuru Emeka obi nchekasi ?

(2) Nke a o ziri na ọ na-añụrị ọñụ n'ihi ọnwụ ya ?

(3) Mgbe Emeka wepụtakwara agwa ọma ya, olee ihe nwa Bekee mere ?

(4) Tutu Emeka agaa Ala Bekee, Olee ihe o mere ?

(5) Olee otu ndị ala ya siri wee sị ya gaa nke ọma ?

(6) Olee ihe ndị mere ka ọ ghara inwe obi ngbasasị n'Ala Bekee ?

(7) Olee nzere o nwegasịrị ebe ahụ ?

## ISI 15

(1) **Dee ihe ị ga-ede maka ndụ gị ma a sị na ị bụ Emeka. (Ibe akwụkwọ na ọkara).**

**Mmụọ Okafọ**

ONYE ỌMA EMEKA na-enyere ndị na-ele IGBO, na G.C.E., H.E., na SCH. CERT. aka nke ukwu.

O juru eju n'ilu Igbo na okwu omimi dị iche iche. Zụrụ ya; Ị ga-enwe afọ ojuju.